**NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA**

**DEPARTMENT OF LANGUAGES**

**COURSE CODE: IGB124**

**COURSE TITLE: ADVANCED COMPOSITION AND COMPREHENSION**

**EDEMEDE NA AGHỌTAAZAA OGO ELU**

**IGB124: EDEMEDE NA AGHỌTAAZAA OGO ELU**


Odee: Dkt. Gerald O. Nweya
Ngalaba Lingwistiks na Asụsụ Afrịka,
Mahadum Ibadan, Ibadan
(Department of Linguistics and African Languages, University of Ibadan, Ibadan, Nigeria.)

Onye Òdezi Ihe Ọmụmụ: Prọf. B. M. Onyemaechi Mbah
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.
(Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages)

Onye Nchịkwa Ihe Ọmụmụ: Prọf. Herbert Igboanụsị
Ngalaba Lingwistiks na Asụsụ Afrịka,
Mahadum Ibadan, Ibadan
(Department of Linguistics and African Languages, University of Ibadan, Ibadan, Nigeria.)

**NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA**

National Open University of Nigeria
Headquarters
91 Cadastral Zone
University Village
Nnamdi Azikiwe Express Way
Jabi, Abuja
Nigeria

e-mail: centralinfo@nou.edu.ng
URL: www.nou.edu.ng

Published by
National Open University of Nigeria

Printed 2020

ISBN:

All Rights Reserved

**NDỊNA** **IHU**

Mkpọlite

Mbunuche izugbe

Mbunuche Kpọm kwem

Nkọwa ihe ọmụmụ

Ngwa ihe ọmụmụ

Yunit ihe ọmụmụ

Akwụkwọ ọgụgụ na Nrụtụaka

Nnwale

Ihe omume

Ule na enyemmaakị

Usoro enyemmaakị

Ndịna ihe ọmụmụ

Ka ị ga-esi ritekarịcha uru ihe ọmụmụ a

Ndị Nkuzi na Nkuzi

Nchịkọta

## Mkpọlite

IGB124: Edemede na aghọtaazaa, nke ogo elu bụ ihe ọmụmụ nwere ọkpụ kredit 3, nke a na-eme na simesta nke mbụ n'afọ agụmakwụkwọ nke mbụ. E dere ya maka ụmụ akwụkwọ na-eme Igbo kpọm kwẹm. O nwere nkeji ihe ọmụmụ iri na anọ, ndị rụtụrụ aka n'ihe dị n'edemede na aghọtaazaa n'asụsụ Igbo. E si n'asụsụ Igbo weta ihe atụ niile e nyere n'akwụkwọ a iji zipụta ka asụsụ Igbo si ahazi echiche ha ma ọ bụ aghọta ihe oge ha na-ede edemede ma na-aza aghọtaazaa. E nyere atụ edemede dị iche iche iji duzi nwata akwụkwọ n'etu e si ede edemede n'Igbo.

Mkpọlite ihe ọmụmụ a kọwara ihe ọ na-ekwu maka ya, akwụkwọ dị iche iche a ga-agụ na ka a ga-esi jiri ha mụọ akwụkwọ. Ọ kọwara oge ole i nwere maka nkeji ọmụmụ ọ bụla ma gbaziere gị ka ị ga-esi mee ihe omume so ya. Ọ dị mkpa na ị na-eje klasị ka gị na ndị nkuzi gị kparịta gbasara nsogbu ọ bụla ị nwere gbasara ihe ọmụmụ a.

## Mbunuche Izugbe

A haziri ihe ọmụmụ a ka o nwee ike kụziere nwata akwụkwọ etu e si agụ na etu e si ede ụdị edemede dị iche iche n'Igbo. A kụzikwukwara ya etu e si agụ na etu e si aza ajụjụ oge n'aghọtaazaa dị iche iche. N'ihi nke a, Mbunuche ndị gbara ọkpụrụkpụ maka ihe ọmụmụ a bụ:

a. Ịkọwa edemede na ụdị edemede e nwere n'Igbo.
b. Ịzipụta ihe a na-atụ anya n'aka onye na-ede edemede dị ka nsụpe, ntụpọ, nhazi dg
c. Ịkọwa ihe dị iche n'ụdị edemede ga dị ka edemede nkịtị na edemede ekereuche.
d. Ịkọwa aghọtaazaa na ụdị ya dị iche iche
e. Iwepụta aka nka dị iche iche a na-ewebata oge a na-ede edemede ma na-aza aghọtaazaa

## Mbunuche Kpọm Kwem

E nwere Mbunuche ndị a tụrụ anya imejupụta na yunit ọ bụla n'ihe ọmụmụ a. Nwata akwụkwọ kwesiri ịgụ mbunuche ndị a tupu ọ mụwa yunit ọ bụla. A tụrụ anya na mgbe ọ mụchara ihe ọmụmụ a, ọ ga-enwe ike:

- kọwaa ihe edemede bụ.
- depụta ụdị edemede dị iche iche ma dee ọmụma atụ nke ọ bụla.
- kọwaa atụmatụ okwu dị iche iche e nwere ike iwebata oge a na-ede edemede n'ụdị edemede ọ bụla
- kọwaa aghọtaazaa.
- kọwaa nka dị iche iche a na-eleba anya n'aghọtaazaa.
- mata mạ gbasoo iwu dị iche dị n'ide edemede na ịza aghọtazaa dị ka nsụpe, ntụpọ, nhazi dg.

### Usoro ihe ọmụmụ

Iji mee ihe ọmụmụ a nke ọma ma meruo ya n'isi, ọ dị mkpa na ị gụrụ yunit ọ bụla, gụọ akwụkwọ ọgụgụ a tụpụtara nakwa akwụkwọ ndị ọzọ NOUN wepụtara. Nkeji ọ bụla nwere ihe omume so ya. N'agbata dị iche iche n'ihe ọmụmụ a, a tụrụ anya na ị ga-ezite ihe omume ndị ahụ i mere maka nlele. Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, e nwere ule mmechi. Ọ ga-ewe ihe dị ka izu ụka iri na ise imecha ihe ọmụmụ a. E depụtara ihe niile gbasara ihe ọmụmụ a n'ebe a. Ị ga-ewepụta oge gụọ yunit ọ bụla ọfụma ka i nwee ike mee ihe ọmụmụ a ọfụma ma mechaa ya n'oge.

### Ngwa ihe ọmụmụ a

Ihe ndị bụ isi ihe ọmụmụ a gụnyere:

1. Mkpọlite ihe ọmụmụ
2. Yunit ihe ọmụmụ
3. Akwụkwọ ọgụgụ
4. Faịlụ ihe omume
5. Oge nzipụta ihe a mụtarala

**Yunit ihe ọmụmụ**

E nwere yunit ihe ọmụmụ iri na anọ n'ihe ọmụmụ a; ha gụnyere

**Ndịna:**

| | |
|---|---|
| **Modul 1** | **Edemede** |
| Yunit 1 | Gịnị bụ edemede? |
| Yunit 2 | Ode edemede |
| Yunit 3 | Ndịmiche dị n'etiti edemede na ederede ndị ọzọ |
| **Mọdụl 2** | **Ụdị edemede** |
| Yunit 1 | Edemede akọmakọ na edemede nkọwasi |
| Yunit 2 | Edemede nkọwami na edemede arụmụka |
| Yunit 3 | Edemede leta |
| **Mọdụl 3** | **Edemede ekereuche** |
| Yunit 1 | Gịnị bụ edemede ekereuche? |
| Yunit 2 | Ode edemede ekereuche (kọwaa onye bụ na onye na-abụghị ode edemede ekereuche |
| Yunit 3 | Ndịmiche dị n'etiti edemede ekereuche ma edemede nkịtị |
| Yunit 4 | Ụdị edemede ekereuche: (Edemede a rọrọ arọ kpọm kwẹm na edemede edemede a rọgharịrị arọgharị |
| **Modul 4** | Aghọtaazaa |
| Yunit 1 | Nkọwa aghọtaazaa, nka aghọtaazaa, uru aghọtaazaa na nhazi aghọtaazaa |
| Yunit 2. | Ụdịdị aghọtaazaa |
| Yunit 3 | Ntụlekọrịta aghọtaazaa na edemede ekereuche |
| Yunit 4 | Nnwale aka nka n'aghọtaazaa dị iche iche |

Modul 1 kpọlitere amụmamụ edemede, odee na aka nka. Modul 2 lebara anya n'ụdị edemede dị iche iche e nwere. Modul 3 kọwara edemede ekereuche na ụdị ya. Modul 4 gbadoro ụkwụ n'aghọtaazaa na nka dị iche iche. Yunit ọ bụla nwere ihe ọmụmụ a ga-amụ n'otu izu. Ọ gụnyere mbunuche nkuzi, ntụzi aka ihe ọmụmụ, akwụkwọ ọgụgụ, nnwale onwe na ihe omume onye nkuzi ga-amaakị. Ihe ndị a niile ga-enyere gị aka imejupụta mbunuche yunit ọ bụla nakwa nke ihe ọmụmụ a.

## Nrụtụaka na akwụkwọ ọgụgụ

Akwụkwọ ọgụgụ ndị a bụ ihe kacha mkpa nwata akwụkwọ ga-agụ maka ihe ọmụmụ a mana o nwekwazịrị ike ịgụ akwụkwọ ndị ọzọ e depụtara na nrụtụaka iji ghọta ihe ọmụmụ a nke ọma.

## Nnwale

E kewara ihe omume a ụzọ abụọ; ihe omume onye nkuzi ga-amaakị na ule. Oge ị na-eme ihe omume ndị a, a tụrụ anya na ị ga-etinye ihe niile ị mụtara n'ihe ọmụmụ a n'ọrụ. Ị ga-ezitere onye nkuzi gị ihe omume niile ị mere maka nlele dị ka oge na-achị emereme ihe ọmụmụ a nakwa failụ ihe omume si kwu. Ihe omume ị zigaara onye nkuzi ga-ebu pasent iri atọ (30%) n'ime maakị e nwere n'ihe ọmụmụ a.

## Ihe omume

E nwere ihe omume onye nkuzi ga-amaakị na ngwụcha yunit ọ bụla. A tụrụ anya na ị ga-eme nke ọ bụla n'ime ha. Onye nkuzi ga-amaakị ha niile ma họrọ atọ maakị ha kachasị iji mejupụta nnwale ngawanye. Ihe omume nke ọ bụla n'ime ha bu pasent iri (10%).

I mechaa ihe omume yunit ọ bụla, ị ga-ezigara ya onye nkuzi n'ekwe-ntị ma ọ bụ ọwa ozi ududo. A ga-agba mbọ hụ na o ruru onye nkuzi aka tupu oge e nyere maka nke a agafee. Ọ bụrụ na nwata akwụkwọ agaghị emecha ihe omume a tupu

oge e nyere eruo, ọ ga-akpọtụrụ onye nkuzi ya ka ọ mara ma o nwere ike inyekwu ya oge.

A gaghị enyekwu nwata akwụkwọ oge ọ bụla ma ọ bụrụ na oge e nyere maka iziga ihe omume agafechaala belụ sọọsọ ma ọdachi dapụtara esiri ike.

**Ule na enyemmaakị**

Ule ikpeazụ maka IGB 124 ga-ewe áwà abụọ ma buru pasent iri asaa (70%), nke maakị niile. Ule a ga-ebu ajụjụ ga-adịkwa ka ajụjụ e zutere n'ihe omume dị iche iche e merela. A ga-anwale gị n'ihe niile a kụziri gị n'ihe ọmụmụ a. Ị ga-agba mbọ hụ na i ji oge e nwere n'agbata mmecha nkuzi ikpeazụ na ule gụgharịa ihe niile e mere n'ihe ọmụmụ a. Ọ ga-abakwara gị uru ma ị gụgharịa ihe omume nke onwe na nke onye nkuzi nyere tupu ule eruo.

**Usoro enyemaakị**

Tebulu a na-esote na-egosi etu a ga-esi nye maakị n'ihe ọmụmụ a.

| Nnwale | Maakị |
|---|---|
| Ihe omume 1-4: Atọ ọ bụla n'ime maakị ha kachasị = (10% x 3) | 30% |
| Ule ikpeazụ | 70% |
| Mgbakọ | 100% |

**Ndịna Ihe ọmụmụ a**


| Nkeji | Isi okwu | Emereme kwa izu | Ihe omume onye nkuzi |
|---|---|---|---|
| | Mkpọlite ihe ọmụmụ | 1 | |
| | Modul 1 | | |
| 1 | Nkọwa edemede | 2 | |
| 2 | Ode edemede | | |
| 3 | Ndịmiche n'etiti edemede na ederede ndị ọzọ | 3 | **Ihe omume 1** |
| | Modul 2 | | |
| 1 | Edemede akọmakọ na Edemede nkọwasị | 4 | |
| 2 | Edemede nkọwami na edemede arụmụka | 5 | |
| 3 | Edemede leta | 6 | **Ihe omume 2** |
| | Modul 3 | | |
| 1 | Nkọwa edemede ekereuche | 7 | |
| 2 | Ode edemede ekereuche | 8 | |
| 3 | Njirimara edemede ekereuche | 9 | |
| 4 | Ụdị edemede ekereuche | 10 | **Ihe omume 3** |
| | Modul 4 | | |
| 1 | Nkọwa aghọtaazaa | 11 | |
| 2 | Ụdi aghọtaazaa | 12 | |
| 3 | Ntụlekọrịta aghọtaazaa dị iche iche na edemede ekereuche | 13 | |
| 4 | Nnwale aka nka n'aghọtaazaa dị iche iche | 14 | **Ihe omume 4** |
| 8 | Nkuzigharị | 15 | |
| | Ule | 16 | |
| | Mgbakọ | 17 | |


## Ka i ga-esi ritekaricha uru ihe ọmụmụ a

N'ụdị ihe ọmụmụ a, yunit nkuzi na-anọchi anya onye nkuzi mahadum. Uru nke a bara bụ na ọ ga-eme ka i nwee ike gụọ ma mee ihe omume dị na ngwa nkuzi etu o si masị gị, n'ebe na n'oge o ji masị gị. Ya ka o ji dị mkpa na ị hụtara nke a dị ka ịgụ nkuzi kama ige nkuzi na klaasị. Etu onye nkuzi ga-esi nye ihe omume na klassị ka akwụkwọ a sikwa nye ihe omume a ga-eme n'ebe o kwesiri.

A haziri yunit niile n’otu usoro. Isi nke mbụ bụ Mkpọlite n’isi okwu a ga-ekwu maka ya na etu yunit ahụ si metụta yunit ndị ọzọ n’ihe ọmụmụ ahụ. Nke na-eso ya bụ mbunuche. Nke a ga-akụziri gị ihe ndị ị kwesiri ịma mà ị mechaa ihe ọmụmụ a. Ọ dị mkpa ka ị na-ewere ntụzi aka n’ebumnobi ndị a oge ị na-agụ akwụkwọ a. Ị gụchaa yunit ọ bụla, ị ga-atụle ma ị mejupụtara mbunuche ndị a. Ọ bụrụ na ị na-eme etu a kwa mgbe, ị nwere nnukwu ohere ime nke ọma n’ihe ọmụmụ a.

E nwere nnwale onwe na ngwụcha yunit ọ bụla; ụsa ha dịkwa n’ime ihe ọmụmụ ọ bụla. Ime ihe omume ndị a ga-enyere gị aka imejupụta mbunuche yunit ọ bụla ma kwadoo onwe gị maka ihe omume na ule ga-eso ya. Ị ga-agba mbọ mee ihe omume ọ bụla n’oge kwesiri na yunit ọ bụla. E nwechara ihe atụ e nyere na yunit ọ bụla; ị ga-atụle ha ma i rute ebe ha dị.

## Ndị nkuzi na ihe nkuzi

E nwere awa asatọ e wepụtara maka ịkụzi ihe ọmụmụ a. A ga-agwa nwata akwụkwọ ụbọchị, oge na ebe a ga-eme nke a, tinyere aha na akara ekwentị onye nkuzi ga-eme ya. A ga-eme nke a ozigbo e tinyere gị n’òtù nkuzi.

Onye nkuzi ga-amaakị ma dee gbasara ihe omume niile i mere; ọ ga-etinye uche n’ịma ma ị na-aga n’ihu ka ị na-ada ada, ka ị na-enwe nhịa-ahụ iji hụ na o nyeere gị aka ebe kwesiri ka nkuzi ihe ọmụmụ a na-aga n’ihu. Ị ga-agba mbọ hụ na i zijeere onye nkuzi ihe omume gị nke ọ ga-amaakị tupu oge e nyere eruo. Ọ ga-amaakị ya ma zighachiri gị ya n’oge na-adịghị anya.

Ị ga-akpọtụrụ onye nkụzi gị n’ekwentị ma ọ bụ na ‘i-mel’ ma ọ bụrụ na ị chọọ enyemaka. Ị ga-akpọtụrụ onye nkụzi gị ma ọ bụrụ na:

- ị ghọtaghị ngalaba yunit ihe ọmụmụ ma ọ bụ ihe ndị e nyere gị gụọ.
- nnwale onwe na-enye gị nsogbu.
- i nwere ajụjụ ma ọ bụ na ihe omume na-enye gị nsogbu; ihe onye nkụzi gị kwuru banyere ihe omume ma ọ bụ banyere maakị e nyere gị n’ihe omume.

Ị ga-agba mbọ gere nkuzi. Ọ bụ naanị ohere i nwere ịhụ onye nkuzi gị ihu na ihu ma jụọ ajụjụ ndị a ga-aza gị ozigbo. I nwere ike ikwu maka nsogbu ọ bụla i nwere gbasara nkuzi a. Iji rite uru na nkuzi a, ị ga-edetu ajụjụ niile i nwere tupu i jebe klaasị. Ị ga-erite nnukwu uru ma i sonye n'ihe ọmụmụ n'uju.

E mere IGB 124 ka ọ kwadoo gị maka ịtụle edemede na aghọtaazaa Igbo site n'ime ka ị mara etu e si ede edemede Igbo. Nke a gụnyere ụdị, nhazi, nsụpe, ntụpọ na iwebata atụmatụ okwu etu o si kwesi. Ọ gụnyekwazịrị etu e si eleba anya n'aghọtazaa. Oge ị na-emecha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike kọwaa edemede na ụdịdị ya nakwa ihe dị iche na nkenụụdị edemede e nwere n'Igbo. Ị ga-akọwali aghọtaazaa na ihe dị iche iche a na-eleba anya mgbe a na-ede edemede.

A na-atụ anya na obi ga-atọ gị ụtọ ka ị na-eme ihe ọmụmụ a. Ya gaziere gị.

**NDỊNA** **IHU**


| | | |
|---|---|---|
| **Modul 1** | **Edemede** | |
| Yunit 1 | Nkọwa edemede | |
| Yunit 2 | Ode edemede | |
| Yunit 3 | Ndịmiche n'edemede na ederede abụghị edemede | |
| **Modul 2** | **Ụdị edemede** | |
| Yunit 1 | Edemede akọmakọ na edemede nkọwasị | |
| Yunit 2 | Edemede nkọwami na edemede arụmụka | |
| Yunit 3 | Edemede leta | |
| **Modul 3** | **Edemede ekereuche** | |
| Yunit 1 | Nkọwa edemede ekereuche | |
| Yunit 2 | Ode edemede ekereuche | |
| Yunit 3 | Njirimara edemede ekereuche | |
| Yunit 4 | Ụdị edemede ekereuche | |
| **Modul 4** | **Aghọtaazaa** | |
| Yunit 1 | Nkọwa aghọtaazaa | |
| Yunit 2 | Ụdi aghọtaazaa | |
| Yunit 3 | Ntụlekọrịta aghọtaazaa dị iche iche na edemede ekereuche | |
| Yunit 4 | Nnwale aka nka n'aghọtaazaa dị iche iche | |

**MODUL 1 EDEMEDE**

Yunit 1 Nkọwa edemede

Yunit 2 Ode edemede

Yunit 3 Ndịmiche dị n'etiti edemede na ederede ndị ọzọ

## YUNIT 1 NKỌWA EDEMEDE

**NDỊNA**


1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwem

3.1 Nkọwa edemede

3.2 Ihe mebere edemede e dere nke ọma

3.3 Nhazi edemede

3.1.1 Mmalite edemede

3.1.2 Mmechi edemede

3.4 Ihe na-abụghị edemede

3.5 Uru edemede

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụtụaka/ Ngumi


## 1.0 MKPỌLITE

Edemede dị mkpa na ndụ onye ọ bụla; onye ọ bụla nwere mgbe o ji ya akọwa otu ihe ma ọ bụ ọzọ ma ọ bụ echiche ya gbasara ihe ọ bụla. Oge ụfọdụ, mmadụ nwere ike chọọ idepụta echiche ya gbasara otu ihe ma ọ bụ ọzọ Nke a nwere ike ịbụ gbasara onwe ya ma ọ bụ ihe ọzọ. N'ihi nke a, ọ dị mkpa na onye ọ bụla na-amụ Igbo ga-amarịrị ka e si ede edemede. N'ihe ọmụmụ a, a kụziri ihe bụ edemede na ihe na-abụghị edemede. Site na nkọwa a, ọ ga-edo anya ihe mere ihe ndị ahụ na-abụghị edemede jiri dị iche n'edemede. A lebakwara anya na nka edemede dị iche iche a na-ewebata mgbe a na-ede edemede, ya bụ atụmatụ okwu dị iche iche. A

na-eji ha achọ edemede mma. Ihe ndị a bụ ntụzi aka oge na nkuzi edemede na yunit ndị ọzọ.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na ị ga-enwe ike:

i. kọwaa ihe bụ edemede na ihe na-abụghị edemede.

ii. depụta ihe e ji achọ edemede mma dị ka atụmatụ okwu na akpaala okwu.

iii. kọwaa iwu nsụpe na aka nka ụfọdụ a na-ewebata oge a na-ede edemede.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWỤM

### 3.1 Gịnị bụ edemede?

Edemede bụ ihe mmadụ chemiri echiche depụta ka ndị mmadụ gụọ ma kete oke na ya. Na nkọwami edemede ọzọ, e nwere ike ịsị na edemede bụ echiche miri emi, nke odee chepụtara ma were asụsụ na aka nka ya dee ka o nye aka kwalite mmụta. Edemede nwere ike ịdị n'ụdị akụkọ ma ọ bụ ejije. O nwekwara ike ịdị n'ụdị nkọwami, nkọwasị, arụmụka, ozi ma ọ bụ leta. A na-eji asụsụ nka dị iche iche achọ ya mma.

Onye ọ bụla chọrọ ịbụ ọkaa n'edemede asụsụ Igbo ga-ama nkeji asụsụ Igbo, iwu nsụpe na etu e si etinye akara edemede dị iche iche. Akara edemede dị nnukwu mkpa n'edemede Igbo. Edemede ọ bụla nke a na-etinyeghi akara edemede etu o si kwesi na-enwe nsogbu. Ọ na-esi ike ịgụta ihe e dere ma ọ bụrụ na odee etinyeghi akara edemede ọfụma.

A bịa n'asụsụ Igbo, edemede na-adịkarị n'ụdị ndekọ, ekereuche mana akwụkwọ ihe ọgụgụ ndị ọzọ nwere usoro na nhazi e si ede ha. Ya mere na akwụkwọ ihe

ọmụmụ sayensị ụfọdụ abụghị edemede. N'ikpeazụ, edemede ọ bụla na-agbado ụkwụ n'etu ndị si ebi ndụ ha. Na yunit a, a ga-elebakarị anya n'edemede ndekọ.

N'edemede ndekọ, ọ dịịrị odee ịhọrọ isi okwu ya. Ọ dịịrị ya ịhazi usoro ma ọ bụ ntụpụta ọ ga-agbaso dee edemede ya ka ọ dị mma. Ọ dịkwara ya ikpebi ụzọ ọ ga-esi kọwapụta isi okwu ya ka ọgụụ nwee mmasị n'ihe o dere. Odee nwere ike iji olu nro, olu ike ma ọ bụ olu arịrịọ dee edemede ya. Mana n'ihe ndị a niile, nke kacha mkpa bụ isi okwu, nke ga-enye ihe e dere olu kwesirinụ.

**NNWALE ONWE I**

- Kọwaa edemede ndekọ n'uju. Kedu ihe ode edemede nwere ike ide maka ya?

## 3.2 Ndịna ezigbo edemede

Mgbe a na-enyocha edemede, ihe ndị a ga-apụtarịrị ihe na ya iji gosi na ọ bụ edemede e dere nke ọma, ma zipụta ozi ndị na ya nke ọma. Ha gụnyere:

- Edemede ịdị n'otu
- Usoro akụkọ ịdị mma na ido anya
- Akụkọ ekereuche
- Akara edemede e tinyere nke ọma
- Akụkọ ịdị n'usoro

### Edemede ịdị n'otu

Ihe nke a pụtara bụ na ndịna na ebumnuche edemede ọ bụla kwesiri ịdị n'otu. Ya bụ na mbunuche edemede kwesiri ịkọwa isi okwu edemede ahụ. O kwesighi ịkọwa ihe ndị ọzọ, nke na-agbadoghi ụkwụ n'isi okwu edemede. Odee ekwesighi iwepụ uche n'isi okwu edemede ya, nke a ga-enyere ya aka ịmata mgbe o jiri dapụwa n'isi okwu ọ na-ede maka ya. Ihe nke a pụtara bụ na ihe niile odee chọrọ ide n'edemede ya, ga-abụ nke na-akọwa isi okwu e nyere ya; o kwesighi ka e nwee akụkọ ga-esi esi febata. Ọ bụrụgodu na isi okwu edemede ahụ nwere isi

okwu ndabe, isi okwu ndabe ahụ kwesiri inwe ihe jikọtara ya na isi okwu edemede; n'ihi nke a, ha ga-adịrịrị n'otu. Na nchịkọta, akụkọ niile odee chọrọ ịkọ n'edemede ya, kwesiri ịdagba ma na-arụgara aka n'isi okwu edemede ya. E kwesiri ka odee hie asaa n'anya mgbe ọ na-ede edemede ya, hụ na ụtọ edemede emeghi ka o dere depụ n'isi okwu ya.

**Usoro akụkọ**

Mgbe a na-ekwu maka usoro akụkọ dị ka otu n'ihe mebere ezigbo edemede, a na-akọwa na emereme mebere edemede ọ bụla kwesiri ịdị n'usoro. Ya bụ na emereme ga-esi n'obere ruo na nnukwu. Nke a na-eme ka edemede ahụ dị n'otu, nwee nghọta ma dịkwa ụtọ. Ihe nke a pụtara bụ na ihe kweiri ibu ụzọ ga-ebu ụzọ ebe ndị ga-ekpe azụ, ga-ekpe azụ. Ọ gaghị adị mma ma odee dee ihe ndị kwesiri ịdị na mkpọlite edemede na ngwụcha edemede; nke a ga-eme ka echiche dị n'edemede ghasaa aghasa.

Ide ezigbo edemede dị ka ịrụ ụlọ, o nwere m̀búdó, nwee ogige ma nwekwaa gbam gbam. Ọ bụrụ na m̀búdó ụlọ esighi ike, ọ gaghị enwe ike iguzo n'oke ikuku ma ọ bụ oke ide. N'otu aka ahụ, mkpọlite edemede kwesiri inwe m̀búdó, nke ga-ejide edemede ahụ nke ọma. Ya bụ na o kwesiri igosipụta ihe odee bu n'uche iji edemede ya zipụta. N'otu aka ahụ, nkebi okwu, nkebi ahịrị, ahịrị okwu, na nkeji edemede kwesiri ịdakọrịta ka edemede nwee echiche dị mma.

**Akụkọ ekereuche**

Edemede ọ bụla bụ ọrụ ekereuche. Ihe nke a pụtara bụ na e kwesighi ka ode edemede dee edemede onye ọzọ derela ka nke ya. Odee ọ bụla kwesiri igosipụta nka ekereuche ya n'edemede ọ na-ede. Ihe nke a na-akọwa bụ na edemede ọ bụla, kwesiri igosipụta aka nka odee, nke ga-egosipụta na ọ bụ ọrụ ekereuche, ma gosikwa na odee mara ihe ekwe na-akụ.

**Akara edemede**

Nke a so n'ihe mebere ezigbo edemede. Ọ bụ ya na-etinye ndụ n'ụdị edemede ọ bụla. Ọ na-elebanye anya n'etu odee si jiri asụsụ rụọ ọrụ ya, dị ka tẹnsị, mkpụrụ

okwu, nsụpe, na akara edemede wdg. Odee ga-agba mbọ webata ihe ndị a n'edemede ya n'ụzọ dabara nke ọma. O kwesiri ka a mata na ọ bụrụ na usoro e si dee ya adabaghị adaba, edemede ịdị n'otu, usoro akụkọ na akụkọ ekereuche agaghị apụta ihe. Ihe nke a pụtara bụ na usoro e siri dee edemede bụ isi sekpụ ntị n'edemede ọ bụla. N'agbanyeghi etu akụkọ ekereuche odee si dịdebe mma nakwa etu o si hazie edemede ahụ, ọ bụrụ na o tinyeghi akara edemede ebe o kwesiri, ma ọ bụ na nsụpe ya adịghị mma nakwa na o mebeghi ahịrị okwu ya nke ọma dị ka a nabatara n'ụtọ asụsụ Igbo, ọrụ ya ga-abụ ọrụ adịghị mma.

Ọ dị mkpa na odee ma ọ bụ nwata akwụkwọ mara na mbunuche ọgụụ abụghị ka ọ chọpụta ihe o mere nke ọma kama ọ bụ ka ọ chọpụta ebe o meghi nke ọma. Nke a ga-eme ka odee ma ọ bụ nwata akwụkwọ mara asụsụ ya nke ọma. Mgbe a na-ekwu ka odee mara asụsụ ya nke ọma, ihe a na-akọwa bụ ka ọ mara etu e si emebe ahịrị okwu nke ọma dị ka ụtọ asụsụ Igbo nabatara. O kwesiri ịmata akara edemede dị iche iche na ọrụ ha. Nke a ga-enyere ya aka ịmata akara edemede o kwesiri itinye mgbe ọ na-ede edemede ya. O kwesiri ka odee kpachara anya mgbe ọ na-etinye akara edemede n'edemede ya n'ihi na akara edemede na-ewepụta nghọta ahịrị okwu nakwa nkeji edemede. Ya bụ na ụfọdụ ahịrị okwu dị ka ahịrị ùkwù, na-enweghi akara edemede ebe kwesiri, ga-ahịa ahụ nghọta.

## Nkeji edemede

Nkeji edemede bụ mpaghara ederede dị n'edemede, nke ahịrị okwu dị iche iche mebere. E ji ya egosipụta otu n'ebumnuche dị iche iche e nwere n'edemede ọ bụla. Ahịrị okwu mebere nkeji edemede ga-abụ ndị na-akọwa akụkụ edemede, nke bụ isi okwu nkeji edemede ahụ. Isi okwu nkeji edemede na-abụkarị ahịrị okwu izizi mejupụtara nkeji edemede. O kwesighi ka otu nkeji edemede na-akọwa akụkụ edemede abụọ ma ọ bụ karịa. Nkeji edemede ọ bụla ga-enwe mpaghara isi okwu edemede ọ na-akọwa, nke na-arụga aka n'isi okwu edemede ahụ.

## NNWALE ONWE II

- Depụta ma kọwaa ihe ndị mebere edemede e dere nke ọma?

### 3.3 Nhazi edemede

Ọ bụ usoro odee mapụtara ọ ga-agbaso kọwaa isi okwu edemede ya. Nhazi edemede na-abịa na mkpirisi na mkpirisi; e nwekwara ike ikewa mkpirisi ndị a iji mee ka ihe na-ekwu maka ya wee doo anya.

E nwere ike ịhazi edemede site n'iji nkebi okwu ma ọ bụ nkebi ahịrị. Odee nwere ike iji mkpụrụ okwu ma ọ bụ nkebi okwu tụpụta nkebi isi okwu ọ chọrọ ikwu maka ya. Nke a na-enye aka ka a ghara ichezọ ihe a na-ekwu maka ya oge a na-ahazi edemede.

E nwekwazịrị ike ịhazi edemede site n'iji ahịrị okwu kpọlite isi okwu a chọrọ ikwu maka ya. Nke a na-eme ka isi okwu ọgụụ anya. E nwekwara ike iji ahịrị okwu chịkọta isi okwu n'edemede. E nwere ụdị ahịrị nchịkọta abụọ: ahịrị nchịkọta isi okwu na ahịrị nchịkọta nkeji edemede. Edemede ọ bụla na-enwe naanị otu ahịrị nchịkọta isi okwu. Ahịrị nchịkọta nwere ike ịbata n'ebe ọ bụla n'edemede dị ka odee si chọọ. O nwere ike ịbụ na mmalite, etiti ma ọ bụ na ngwụcha edemede.

N'aka nke ọzọ, a na-enwe ahịrị nchịkọta nkebi edemede na nkebi edemede ọ bụla. Ya bụ, a na-enwe ahịrị okwu na-achịkọta nkebi edemede, dị ka, ole nkebi edemede dị n'edemede dị. Nke a nwere ike ịdị n'ebe ọ bụla n'edemede dị ka odee si chọọ. Ihe kacha mkpa bụ na o nwere ahịrị okwu chịkọtara isi okwu ndabe nkeji edemede ọ bụla tinyere ahịrị okwu chịkọtara isi okwu edemede ahụ. Ka e lebazịa ụfọdụ ọkpụrụkpụ ihe gbasara nhazi edemede anya.

#### 3.3.1 Mmalite edemede

N'edemede ndekọ, ọ dị ezigbo mkpa ịmalite nke ọma; nke a otu n'aka nka edemede. Etu e si malite edemede na-egosi mbunuche odee nakwa nghọta ya gbasara isi ihe ọ na-ede. Mmalite dị ka etu onye ọbịa si akụrụ onye nwe ụlọ aka n'ụzọ. Etu onye ọbịa siri kụọ aka n'ụzọ na-egosi ụdị onye ọbia ọ bụ na mbunuche ya. Site n'etu o si kụọ aka, e nwere ike ịchọpụta ma ọ na-abịa ije udo ka ọ bụ nke mgbawa ụzọ. Nke a ga-enyere onye nwe ụlọ aka ịkwado onwe ya etu o si kwesi. N'otu aka ahụ, mmalite edemede na-egosi etu onye na-agụ edemede si akwado

onwe ya. Ọ bụrụ na odee egosi onwe ya ka onye ma ihe ọ na-eme na mmalite edemede, ọ ga-eme ka ọgụụ nọzie nke ọma iji nabata ezi nkọwa nke ọ na-atụ anya inweta n'edemede ahụ. N'aka nke ọzọ, ọ bụrụ na odee egosi onwe ya dị ka onye enweghi ihe ọ ma site na mmalite edemede ya, ọgụụ, n'otu aka ahụ, ga-ewepụ uche, mara na o nweghi ihe nwere isi a na-atụ anya inweta n'edemede ahụ. Ya bụ, ụdị mkpụrụ okwu na ahịrị okwu e ji malite edemede na-emeghe ụzọ nye edemede ahụ n'ozuzu oke. Mmalite nke edemede abụghị edemede n'onwe ya kpọm kwẹm. Odee agaghị amabanye n'ide gbasara isi okwu ya ozigbo; kama, ọ bụ ohere o nwere iji radoo ọgụụ ịgụ ihe ọ ga-ede ma bụrụkwa ebe odee na-anọ kọwapụta ma ọ bụ zipụta usoro o bu n'obi ịgbaso kọwapụta isi okwu ya. E nwekwara ike isi na mmalite chọpụta ụdị edemede odee chọrọ ide, na etu o si chọọ ide ya. Ọ na-egosikwa olu ode nye edemede ya ma kwalite edemede ndekọ n'ụzọ dị iche iche.

**Ịmalite edemede ndekọ**

**a) Site n'ịkọwa gbasara isi okwu a na-ede:** Nka ga-abụ ahịrị okwu mbụ nke edemede. Mgbe e depụtasịrị nke a, a ga-edepụtazị ahịrị okwu nke ga-esote ya, ndị ga-enye aka kọwapụta ihe a na-ekwu n'ahịrị okwu nke mbụ ahụ nke ọma. Ọ dị mkpa ikwu na ọtụtụ ndị ọgụụ anaghị agụfe nkebi edemede, nke mbụ n'edemede ọ bụla na-achapụghị achapụ ma ọ bụ nke akpaliteghi mmụọ. Iji maa atụ, n'edemede nke isi okwu ya bụ "anyịnya igwe ọhụrụ m", odee nwere ike ịmalite ya na usoro a. E nwere puku kwụrụ puku ọtụtụ anyịnya igwe n'ụwa gbaa gburu gburu, nke na-adịghị oke ọnụ ịzụta ma bụrụkwa nke e nwere ike iji gbagharịa n'ime obodo nakwa n'okporo ụzọ korota. N'obodo m, bụ Naịjirịa, e nwere ike ịhụ ọtụtụ mmadụ ebe ha nya anyịnya igwe ha n'ụtụtụ na-eje ọrụ, mana n'agbanyeghi na ọtụtụ ndị mmadụ enweela anyịnya igwe tutuu m nwee nke m, agaghị m echezọ ọṅụ, afọ ojuju na ihe ịtụnanya dị n'inwe anyịnya igwe nke aka m.

b) **Site n'ịkọwapụta ihe dị mkpa gbasara isi ihe a na-ede**: Usoro a na-adabakarị n'ịkọwapụta ihe ndị dị mkpa gbasara isi ihe a na-ede. N'usoro a, odee na-ezipụta ihe ndị dị mkpa metụtara isi ihe a na-ede ma bụrụkwa ihe ndị ga-enye aka ma kọwapụta echiche nke isi okwu ahụ. Nke a dị ezigbo mkpa n'ihi na ọ ga-eme ka ọgụụ chega echiche n'ihe odee ga-ede n'isi okwu. Ọmụma atụ, "Otu ụbọchi **ihe**

**dum gbajọrọ"**; odee nwere ike ịmalite ya n'ụzo dị etu a: N'abalị ahụ, oke mmiri ozuzo zoro, nke butere egbe igwe na amụma; mgbe o belatara, nshansha mmiri nọ na-ayọ, okporo ụzọ anyị na-aga jupụtara n'apịtị bido na mgbago rue na mgbada. Ụkwụ m gwuru mmiri ma jupụta n'apịtị nke na m dị ka uriom mmiri mara nakwa onye ọrụ aja. Onwe m na-asọ m oyi, onye ọ bụla hụrụ m na-elesi m anya ike ka a ga-asị na isi adịghị m mma.

ch) **Site n'ịkọ akụkọ nkịtị**: Site n'akụkọ nkịtị, odee nwere ike ịkọwapụta ihe ga-adị n'ime edemede ahụ. Ọtụtụ oge, nke a na-eyite ịrụtụ aka n'ihe ndị dị mkpa gbasara isi ihe odee chọrọ ide, mana n'ime nke a, ọ na-abụkarị iwere ihe mere n'etiti akụkọ wee mee isi ihe ọ na-ede.

d) **Site na ntụpụta ndị ọka mmụta**: Nke a nwere ike ịbụ ihe mbụ odee ga-ede tupu o debe ihe ndị ọzọ. N'ime ntụpụta, ọ dị mkpa iweta ihe dị mkpa a maburu gbasara isi ihe a na-ede. Nke ọzọ bụ na ntụpụta ahụ ga-adabakwa na nkebi edemede e webatara ya na ya. Ọ dịghị mma iwebata ntụpụta ndị ọka mmụta naanị iji gosi na mmadụ so biri. Ọtụtụ oge, ndị ndị ọka anaghị ewebata ntụpụta kwesiri oge ha na-ede ihe.

e) **Site n'iji ụka-bụ-ilu**: Odee nwere ike ịmalite edemede ya site n'ịkọ obere akụkọ nke ga-emetụta isi ihe ọ na-ede ma bụrụkwa nke ga-achapụ achapụ wee kọwapụta mbunuche edemede ya. Ọ dị mkpa ikwu na akụkọ a ga-akọ n'ebe a abụghị isi okwu ahụ kpọm kwẹm, kama ọ bụ akụkọ nke metụtara isi okwu a na-ede maka ya ma bụrụkwa nke ga-akọwapụta ihe yitere ihe a na-ede gbasara. Ọmụma atụ: Nwa mkpị sị dibịa ya agbarala ya aja uto maka na onye dị ndụ ga-eto eto.

### 3.3.2 Mmechi Edemede

Mmechi ndekọ bụ iweta ihe dum a kọrọ n'edemede ndekọ n'isi njedebe. Na nchịkọta ihe e dere, odee ga-eweta ihe ndị dị mkpa nke ọ ga-ahazi n'usoro dị mma ma tinye ha n'ụzọ gaziri agazi ma doo anya n'iwebata ihe dum a kọrọ n'edemede ahụ n'isi njedebe. N'ihi ya, mmechi kwesiri ịrụtụ aka n'ihe a kọrọ n'edemede n'ụzọ ọ ga-esị doo ọgụụ anya ma chịkọta ihe dum a kọrọ n'edemede ahụ.

Edemede, nke a na-emechighi ọfụma nwere ike kwụsị na ntụmadị, nke nwere ike gosi na odee amaghịzị ihe ọ ga-ekwu.

**Ụzọ e nwere ike isi mechi edemede**

a) **Mkpokọta**: E nwere ike ikpokọta edemede site n'iji ahịrị okwu ma ọ bụ mkpụrụ okwu, ndị e jikabeghi dee ihe n'edemede ahụ ma bụrụkwa nke ga-emetụta isi ihe e dere.

b) **Site n'izipụta etu odee siri hụta ihe a kọrọ n'edemede ahụ**: Nke a bụ ohere odee nwere iji kwupụta etu ihe a kọrọ n'edemede ahụ siri metụta ya. Ụdị mmechi a na- adịkarị ire n'edemede nkọwasị

ch) **Site n'ịza ajụjụ nzara onwe**: Ụdị mmechi a na-adị ire mgbe odee kọwasịrị mbunuche ya gbasara isi okwu ahụ, ma hapụziara ọgụụ nke fọdụrụ.

d) **Site n'ịrụtụ aka n'oge:** E nwekwara ike imechi edemede site n'ịrụga aka n'ihe na-eme n'oge ndịnazụ na oge ndịnugbu a dị ka ha si metụta isi ihe a na-ede.

e) **Site n'iwebata ụka-bụ-ilu**: Etu e nwere ike iji ụka-bụ-ilu malite edemede, e nwekwara ike iji ya mechi edemede. Etu o sila dị, odee ekwesighi iji otu ụka-bụ-ilu malite ma mechikwaa edemede ya.

7) **Site n'ịgụpụta ihe ndị a chọpụtara n'edemede:** E nwekwara ike iwete edemede na mmechi site n'ịgụpụta ihe ndị a chọpụtara n'edemede ahụ. N'ebe a, odee ga-akpọtụ ụkwụ n'ihe ndị gbara ọkpụrụkpụ ọ rutụrụ aka n'edemede ya.

8) **Site na ntụpụta echiche ndị ọka mmụta**: Ọ dị mkpa ikwu na ihe ọ bụla a ga-ewebata n'ebe a ga-abụ ndị dị mkpa ma ọ bụ metụta isi ihe a na-ede. N'agbanyeghi nke a, ọ dị mkpa ikwu na ọ gaghị amagbu onwe ya iji ntụpụta malite ma mechie otu edemede.

**Nnwale onwe III**

- Depụta etu e si ahazi edemede ọkachasị edemede ndekọ?

**3.4 Ihe na-abụghị edemede**

Ka a kọwarala ihe bụ edemede, a ga-arụtụkwa aka n'ihe ndị na-abụghị edemede. N’ihi nke a, ọ dị mkpa ka a jụọ ajụjụ a: Kedụ ihe na-abụghị edemede? Ihe niile na-abụghị ihe e chemiri echiche ime wee depụta ma ọ bụ ihe ndị a marala njedebe ma ọ bụ mpụtara ha abụghị edemede. Ihe ndị a gụnyere: akwụkwọ ọmụmụ mgbakọ na mwepụ, akwụkwọ ma ọ bụ akụkọ na akwụkwọ ihe ọmụmụ sayensị ndị ụfọdụ, wdg. Ihe ndị a abụghị edemede na nghọta asụsụ Igbo.

**Nnwale Onwe nke III**

- Nye atụ ihe ụfọdụ na-abụghị edemede.

**3.5 Uru edemede**

Edemede na-eme ka e kete oke n'echiche sitere n’ekereuche odee, ma nwee mmasị na ya.

Edemede na-eme ka a mara ihe dị na ngalaba ọzọ site n'isi okwu odee na-ede maka ya.

Edemede na-eme ka a mụta nka asụsụ na ụtọ asụsụ Igbo odee jiri dee edemede ya.

Edemede na-eme ka a mụta aka nka dị iche iche ndị odee ji ede edemede, n’ụdị na e nwere ike iji ha dee edemede mgbe ọ bụla.

Edemede nwere ike ịkụzi ihe nwere ike ime n’ụwa, ma, n'otu aka ahụ, mee ka e kee nkwụcha n’ụwa site n’ihe ize ndụ odee dere maka ya n'edemede ya.

Edemede na-enye amamihe ma nyefee ya ọkpụ tọọrọ ọkpụ site n'idetu ihe a na-achọghị ka e chezọọ.

Edemede na-enye odee mara ihe ọ na-ede ọrụ.

E ji edemede eme asọmmpi n'etiti ụmụ akwụkwọ ma ọ bụ ụlọ akwụkwọ na-ama aka ịma onye ma ọ bụ ndị karịrị ibe ha.

Edemede na-akụzịrị ụmụ akwụkwọ nka edemede ma mee ka ha bụrụ ndị odee agụmagụ akụkọ, abụ ma ọ bụ ejije.

E ji edemede anwale ụmụ akwụkwọ n'ule.

**NNWALE ONWE NKE III**

- Ụfọdụ ndị na-ekwu na edemede abaghị uru ma ncha. N'agbanyeghị nke a, ndị mmadụ tụmadị ụmụ akwụkwọ na-achọsi ike ịmụta ka e si ede edemede. Gịnị kpatara nke a?

## 4.0 MMECHI

A hụla na edemede na ihe ndị ọzọ yiri ya abụghị otu maka na edemede sitere n'echiche mmadụ, ebe ihe ndị ahụ yiri ya nwere ike isite n'aka mmadụ mana ha abụghị echiche nke onye ahụ dere ya.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Edemede bụ ihe e dere site na nchepụta odee ma bụrụkwa nke e ji asụsụ chọọ mma n'ụzọ pụrụ iche. Ọ ga-agbado ụkwụ n'ihe na-eme na gburu gburu nke a hụrụ n'anya ma ọ bụ nụ na ntị. Ihe ọ bụla na-abụghị nchepụta onye dere ya abụghị edemede. Ọzọ, ihe sitere n'echiche mmadụ mana onye ọ bụla ma maka ya abụghị edemede.

Edemede ọ bụla ga-enweriri usoro na nhazi. A ga-ejikwa nka n'asụsụ Igbo depụta ya. N'ihi nke a, ode edemede na-ewebata atụmatụ okwu dị iche iche ma tinye akara edemede n'ebe kwesiri iji hụ na o dere ezigbo edemede. Ọ bụ ihe ndị a ka yunit a kọwapụtara. Edemede bara ọtụtụ uru n'ihi na ọ na-enye aka n'ụzọ dị iche iche n'amụmamụ n'ogo dị iche iche.

**IHE OMUME**

i. Kọwaa ihe edemede bụ n'uju.

Ii Jiri atụ dabara nke ọma kọwaa ka e nwere ike isi malite ma ọ bụ mechie edemede ndekọ.

ii. Jiri atụ dabara nke ọma depụta ihe dị iche n'etiti edemede na ederede na-abụghị edemede.

iii. Depụta uru ise edemede bara.

## 6.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension. (mkpanaka)

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers

## YUNIT 2: ODE EDEMEDE

**NDỊNA**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1. Onye bụ ode edemede?

3.2 Onye na-abụghị ode edemede

3.3 Ihe ndị na-enyere odee aka n'edemede

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Yunit a ga-edubanye ma kọwaa ndị e nwere ike ịkpọ ndị odee na ndị na-abụghị ndị odee. A ga-eme nke a site idepụta ihe ndị ahụ na-egosi na ode edemede mara nka edemede nke ọma. Nke a dị mkpa maka izipụta ihe a na-atụ anya n'aka odee ọ bụla.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na ị ga-enwe ike:

i. kọwaa onye bụ odee na onye na-abụghị odee.

ii. depụta ihe dị iche n'etiti odee na onye na-abụghị odee

iii. kọwapụta ihe ndị ahụ na-enyere odee aka n'ide edemede.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Onye bụ ode edemede?

Onye bụ ode edemede? Ode edemede bụ onye ahụ chemiri echiche ma chepụta otu ihe ma ọ bụ ọzọ n'ụzọ pụrụ iche n'ụdị ya. Ihe ahụ o chepụtara nwere ike ịbụ ihe ọ hụrụ n'anya ma ọ bụ nụ na ntị ma bụrụ nke o deturu n'asụsụ Igbo n'aka ha.

**NNWALE ONWE I**

- Kedụ onye bụ ode edemede?

-

### 3.2 Onye na-abụghị onye odee

Onye na-abụghị onye odee bụ onye ahụ na-esiteghị n'echiche o chemiri ime dee edemede ma ọ bụ onye kọpịtara ihe onye ọzọ derela. Ihe e derelarịị dị iche n'edemede. Maka ya, ọ kwesịkwara ka a rụtụ aka na onye na-abụghị odee nwere ike ide ihe ọ hụrụ ma ọ bụ ọ nụrụ merenụ, mana ihe ndị ahụ o dere nwere ike ịbụ edemede dị n'ụdị okwu ihu ma ọ bụ edemede e degharịrị edeghari̩. Mana nke a abụghị edemede kpọm kwẹm.

**NNWALE ONWE II**

- Otu onye, o nwere ike ịbụ odee n'otu aka ma ghara ịbụ odee n'asụsụ Igbo? Were arụmụka kwado ụsa gị.

## 3.1 Ihe ndi na-enyere onye odee aka n'edemede

E nweghi onye a mụrụ ọ bụrụ odee; odee anaghị esi n'elu ada. Nke a pụtara na e nwere ihe mere odee ji dị iche n'onye na-abụghị odee. Ọ bụ ndịmiche ndị a na-enyere odee aka n'ide edemede ya; ha gụnyere:

**Asụsụ** - Asụsụ bụ ụzọ e si akọwapụta echiche obi mmadụ n'ụzọ a haziri ahazi ka o nwee nghọta zuru oke. Ọ bụ site n'asụsụ ka odee ga-esi zipụta ihe ahụ o sitere n'ala ala obi ya chepụta. Ihe nke a pụtara bụ na odee ọ bụla ga-ama asụsụ o ji ede edemede ya nke ọma. Ya bụ na asụsụ na-enyere odee aka. Nke a gụnyere usoro nsụpe, ntinye akara edemede, itinye ụda olu ebe kwesirinụ maka izipụta okwu mgbagwọ, ntinye akpaala okwu na ilu nakwa ihe ndị ọzọ e ji eme ka edemede kwe ọgụgụ.

**Nhazi**- Nhazi bụ ụdị usoro edemede na-agbaso. Edemede ọ bụla ga-enweriri mmalite, etiti na njedebe. Odee ọ bụla ga-amarịrị nka nhazi ka edemede ya kwụrụ ekeresu ka edemede ndị ọzọ e ji ama atụ. Ọ dị mkpa na edemede ọ bụla malitere n'usoro ga-eme ka ọgụụ nwee mmasị n'ihe e dere ma gụruo ya n'isi. Ya ka o ji dị mkpa na odee zipụtara, na mbido edemede ya, isi okwu ọ na-ede maka ya n'ụzọ na-akpalite mmụọ ọgụụ. Site na nke a, nhazi na-enyere odee aka n'ide edemede nke ọma.

**Echiche -** Ihe ọ bụla bụ edemede ga-abụ nke e sitere n'echiche miri emi chepụta. Maka ya, onye ọ bụla bụ odee ga-abụ onye na-eche echiche ma na-echemi ya ime. Ọ bụ site n'echiche ahụ ka ọ ga-esi chepụta ihe ndị ahụ ga-emebe edemede ya. Nke a mere iche echiche ji enyere ode edemede aka.

**NNWALE ONWE III**

- Depụta ihe ndị ahụ na-enyere odee aka n'ide edemede n'asụsụ Igbo.

## 4.0 MMECHI

Ode edemede bụ onye sitere n'echiche onwe ya chepụta ma detuo ihe ndị ahụ o chepụtara ka ndị mmadụ rite uru na ya. Ọ bụ ya mere edemede ọ bụla ji enwe nghọta chi ya ma nwee echiche pụrụ iche n'edemede ọzọ, n'agbanyeghị na edemede ndị ahụ nwere ike inwe otu isi okwu. Dị ka e si kọwaa na yunit a, ọ dị mkpa na nwata akwụkwọ matara ihe a na-atụ anya n'aka ya n'edemede ọ bụla. Nke a ga-enyere ya aka ịhazi edemede ọ ga-ede na yunit ndị ọzọ.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na yunit a, a kọwara na ode edemede bụ onye ahụ chemiri echiche ma chepụta otu ihe ma ọ bụ ọzọ n'ụzọ dị iche n'ụdị ya. Ode edemede bụkwa ọka asụsụ, onye oke echemeche, onye nhazi, onye nwere onyinye ọnatara nka edemede na onye were onyinye nka ndị a depụta ihe ndị ahụ sitere n'uche ya. Ma ọ bụghị ụdị edemede nwere njirimara ndị a, a mara na ihe ndị ahụ onye ahụ na-ede abụghị edemede.

**IHE OMUME**

- Dee n'otu ihu akwụkwọ ihe kpatara na ihe mmadụ dere abụghị edemede.

## 6.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension. (mkpanaka)

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985). *Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers

## Yunit 3: NDỊMICHE DỊ N'EDEMEDE NA EDEREDE ABỤGHỊ EDEMEDE

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

  3.1 Ndịmiche dị n'etiti edemede na ihe ndị na-abụghị edemede

  3.2 Myiri dị n'etiti edemede na ihe na-abụghị edemede

  3.3 Njirimara edemede n'asụsụ Igbo

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Na yunit nke abụọ, a kọwara ihe ụfọdụ gbasara odee dị ka ihe e ji mara onye bụ ezigbo ode edemede. N'ebe a, a kọwara njirimara edemede na ihe na-abụghị edemede. Ya bụ na ihe omume nke a kpọlitere ma kọwaa ndịmiche dị n'etiti edemede na ederede na-abụghị edemede n'asụsụ Igbo. N'otu aka ahụ, a kọwakwuru myiri na njirimara edemede nke ọma.

## 2.0 MBUNUCHE

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na ị ga-enwe ike:

i. depụta ndịmiche na myiri dị n'etiti edemede na ederede na-abụghị edemede
ii. kọwaa njirimara edemede.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 **Ndịmiche dị n'etiti edemede na ederede na-abụghị edemede**

Edemede ọ bụla ga-enweriri mmalite, etiti na njedebe; ebe ederede na-abụghị edemede anaghị enwezucha ihe atọ ndị a.

Edemede ọ bụla ga-enweriri isi okwu a na-ede maka ya; ebe ederede na-abụghị edemede nwere ike ghara inwe isi okwu.

Edemede ọ bụla ga-enwe usoro ma ọ bụ nhazi sitere n’ụdịrị ya bụ edemede; ebe ihe ndị na-abụghị edemede anaghị anabata usoro ma ọ bụ nhazi edemede.

Edemede asụsụ Igbo ga-abụrịrị nke e jiri asụsụ Igbo dee ma were asụsụ nka chọọ ya mma; ebe ederede na-abụghị edemede nwere ike ịdị n’asụsụ ọzọ na-abụghị asụsụ Igbo.

Edemede asụsụ Igbo ga-enweriri nghọta zuru oke; ebe ihe ndị na-abụghị edemede nwere ike ma ha enwela nghọta zuru oke.

**NNWALE ONWE I**

- Depụta ndịiche edemede na ederede na-abụghị edemede atọ ị ma. Ndịmiche ndị ahụ agaghị abụ ndị e depụtara n’elu.

### 3.2 Myiri dị n'etiti edemede na ederede na-abụghị edemede

Edemede na ederede na-abụghị edemede yiri n’ọtụtụ ụzọ. Ụzọ ndị a gụnyere:

E ji asụsụ ede ma edemede ma ederede na-abụghị edemede.

Edemede ọ bụla na-enwe mmalite, etiti na njedebe; ebe ederede na-abụghị edemede na-enwekwa mmalite, etiti na njedebe, mana njedebe ederede na-abụghị edemede na-abụkarị ihe a ma ama.

Edemede na ederede na-abụghị edemede nwere ndị a na-edere ya a na-akpọ ndị ọgụụ.

Edemede na ederede na-abụghị edemede, dị ka okwu ihu, e degharịrị edegharị ma ọ bụ kọpịgharịa akọpị na-enwekwa nghọta zuru oke.

**Nnwale onwe II**

- Olee ihe kpatara na ederede na-abụghị edemede na edemede myiri? Were arụmụka kwado ụsa gị.

## 3.3 Njirimara Edemede n'Asụsụ Igbo

Edemede na nghọta asụsụ Igbo ga-abụrịrị edemede e chepụtara ma detuo n'asụsụ Igbo.

Edemede asụsụ Igbo ga-enweriri nghọta chi ya, nke ga-egosi na ọ bụghị ihe sitere n'edemede ma ọ bụ echiche onye ọzọ.

Edemede asụsụ Igbo ga-enweriri usoro nhazi ya. Nke a ga-agụnyeriri mmalite, etiti na njedebe nke onye ọ bụla na-agaghị ama kpọm kwem, belu sọọsọ ma ọ bụ onye nkuzi nyere iwu ka ụmụ akwụkwọ dee edemede n'isi okwu ga-akwụsị n'ahịrị ndụmọdụ ma ọ bụ ụdịrị ahịrị ọzọ.

Edemede na nghọta asụsụ Igbo ga-abụrịrị nke e chepụtara echepụta; ọ gaghị abụ nke e depụtara n'usoro e hibere ehibe dị ka usoro e si ede edemede mgbakọ na mwepụ ma ọ bụ edemede sayensị ndị ọzọ.

Edemede Igbo ga-enweriri ihe mmụta ọhụrụ sitere na nghọta dị iche nke bụ echiche e chepụtara site n'echiche ode edemede ahụ.

**NNWALE ONWE III**

- Dee edemede n'isi okwu masịrị gị ma depụta njirimara edemede dị n'isi okwu ahụ i dere.

## 4.0 MMECHI

Ihe dị iche n’edemede na ederede na-abụghị edemede, myiri edemede na ederede na-abụghị edemede na njirimara edemede na nghọta asụsụ Igbo bụ mgbakwasa ụkwụ ihe ọmụmụ yunit a. Ka ọ sila dị, ị kwesiri ịgụnwo ma mara ihe ndị a.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Asụsụ, nhazi, nchepụta echiche, nghọta chi, nka edemede, isi okwu nwere nghọta zuru oke wdg bụ ihe dị iche ma yie na njirimara edemede na ederede na-abụghị edemede na nghọta asụsụ Igbo. Ebe a kọwapụtarala ihe ndị a n'elu, a tụzịrị anya na ị ga-adị uchu ịmụ ihe ndị a ka ị wee mara ihe bụ edemede na nghọta asụsụ Igbo.

## IHE OMUME

i. Dee otu ihu akwụkwọ gbasara ịga n'ọnwa.

ii. Olee ihe kpatara na ihe i dere abụghị edemede na nghọta asụsụ Igbo?

iii. Were ndịmiche, myiri na njirimara edemede kwado azịza gị na ii.

## 6.0 NRỤTỤAKA/ NGỤMI


Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ  Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension (mkpanaka)

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985). *Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers

## MODUL 2: ỤDỊDỊ EDEMEDE

Yunit 1: Edemede akọmakọ na edemede nkọwasị

Yunit 2: Edemede nkọwami na edemede arụmụka

Yunit 3: Edemede leta

### YUNIT 1: EDEMEDE AKỌMAKỌ NA EDEMEDE NKỌWASỊ

**NDỊNA**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

- 3.1 Edemede akọmakọ
- 3.2 Nhazi edemede akọmakọ
- 3.2 Edemede nkọwasị
- 3.3 Nhazi edemede nkọwasị

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Dị ka e lebanyecharala anya na nkọwa edemede na ihe na-abụghị ademede, ọ dị mkpa ka e labakwazie anya na nkenụụdị edemede ndekọ. N'ihi nke a, yunit a ga-edubanye ọgụụ n'imata nkenụụdị edemede ndekọ. Nke a gụnyere nkọwa, njirimara na nhazi nke ọ bụla. N'ebe a, a ga-ekwu maka edemede akọmakọ na nkọwasi kpọm kwẹm. Ka a na-eleba anya na ha abụọ a ga-ahụta ka ha si yite ma ọ bụ dị iche.

## 2.0 MBUNUCHE

A tụrụ anya na onye ọ bụla sonyere na nkuzi a ruo na njedebe ga-enwe ike:

i. kọwaa edemede akọmakọ na edemede nkọwasị.

ii. kọwaa nhazi edemede akọmakọ na edemede nkọwasị.

iii. depụta ihe dị iche n'edemede akọmakọ na edemede nkọwasị.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWỤM

### 3.1 Nkọwa edemede akọmakọ

Edemede akọmakọ, nke e nwere ike ịkpọ edemede akụkọ bụ ụdị edemede odee na-ede n'ụdị ịkọ ihe mere eme, ihe o ji anya ya hụ, ma ọ bụ akụkọ a rọgharịrị arọgharị. Edemede a nwere ike kọọ maka ihe mmadụ mere ma ọ bụ ntụghịkọ emereme. Edemede ndị dabara n'edemede akọmakọ gụnyere:

- akụkọ ndụ dị ka ede-ndụ-onye/akụkọ ndụ onye na akụkọ ndụ onwe
- akụkọ nkịtị
- ihe mere eme
- ihe doro anya ga-eme n'ọdịnihu
- akụkọ ala
- akụkọ ndị ichie

Ọ dịkwa mkpa ka a rụtụ aka na ezigbo ode edemede akọmakọ na-akọkarị ọtụtụ ihe mere eme; ọ na-ejikarị tẹnsị ndịnazụ akọ ụdị akụkọ a. Ode edemede akọmakọ na-ezipụtakarị ya n'ụzọ ọ ga-esi metụta ọgụụ n'obi ma kpalie mmụọ ya. Odee nwekwara ike iji ụka-bụ-ilu ma ọ bụ asụsụ nka ọzọ metụtara akụkọ ahụ malite ụdị edemede a. Ọmụma atụ:

- Ụbọchị mbụ m batara na Mahadum
- Ihe mberede okporo ụzọ mere ta a
- Etu m siri nọọ ezumike gara aga

**NNWALE ONWE I**
Kọwaa edemede akọmakọ n’uju

### 3.2 Nhazi edemede akọmakọ

Nhazi edemede bụ usoro a gbasoro dee edemede. Edemede akụkọ nwere ike ịdị n'usoro mmalite, etiti na njedebe ihe mere eme; nhazi mma etiti; nhazi mkpọghachi.

Iji mee ka edemede akọmakọ gazie nke ọma, a ga-ahazi ihe mere na ya n’usoro ha si mee; nke a ga-egosi na akụkọ dị na ya ga na-aga etu ihe mere n’akụkọ ahụ si mee. Ọtụtụ oge, akọmakọ na-abụ ihe odee chepụtara site n’ịtụ omimi uche. Oge ụfọdụ, ọ na-abụ akụkọ ihe mere eme, nke odee haziri etu ọ ga-esi tọọ ụtọ. N’ihi ya, edemede akọmakọ dabara nke ọma ga-abụ nke odee họrọ mkpụrụ okwu kwesiri ekwesi ma jiri ha kọwapụta ihe mere n’oge gara aga ma ọ bụ ihe ndị ga-eme n’ọdịnihu. Ọ ga-enwe ike họrọ mkpụrụ okwu na ahịrị okwu ndị ga-adaba iji kpụọ onyinyo nke ga-ezipụta ihe ahụ mere na etu o siri mee. Odee ya ga-ama etu ọ ga-esi kọwaa ihe mere n’oge gara aga nke ọma; ọ ga-enwekwa ike ịma mkpụrụ okwu na ngwaa mme, ndị ga-enwe ike kọwapụta ihe mere na etu ha si mee.

A bịa n’ahịrị okwu, edemede akọmakọ achọkabeghi ogologo ahịrị okwu, ọ chọrọ ahịrị okwu dị mkpụmkpụ mgbe ọ na-akọwapụta ihe ndị mere, d.k. “Otu ihe mberede okporo ụzọ”. Odee nwere ike iji ahịrị okwu dị ka ndị a kọwaa ihe mere:

> Ka chi utụtụ Mọnde foro, alụlụ kpuchịrị iru igwe ka a ga-asị na chi efochabeghi nke ọma. Ọ dịghị onye mara na ụbọchị ahụ ga-adị ka ụbọchị ihe dum bịara na njedebe. Mgbe m kwadochara ịga akwụkwọ, abanyere m moto; ka anyị pụtara n’ụzọ, ebelebe gburu; lee otu gwongworo dị anyị n’ihu ka ọ chịliri ụkwụ anọ elu n’etiti okporo ụzọ. Akpata oyi zuru m ahụ, anya mmiri juru m anya. Ụfọdụ ndị mmadụ boro aka n’isi, ndị mkpu kwere eti na-eti, ndị o kpuchiri ọnụ na-elezi n’anya. I nyobaa anya n’ụgbọ ala ahụ, ihe obi gị ga-agwa gị bụ na igbe ozu mmadụ ole ihe mberede okporo ụzọ ahụ lara n’iyi. Ọ bụ naanị oge ahụ ka m chetara ihe mere na chi ụtụtụ ụbọchị ahụ efoghi nke ọma. N’ezie, ebelebe gburu.

Na nhazi edemede akọmakọ, a tụrụ anya na odee ga-ewebata obere mmalite; e mesịa, o webata nkebi edemede ole na ole n’etiti edemede; n’ikpeazụ, o webata mmechi. Na nkọwa n’ụdị edemede a, odee nwere ike iwebata okwu ụfọdụ dị ka njakịrị, nkwubiri, mgbubiri nakwa okwu ndị na-egosi na edemede a abụkebeghi nke ogo dị elu. Usoro a ga-eme ka ọgụụ ghara ichemi echiche echemi tupu ọ ghọta ihe odee na-ede maka ya. Lee ọmụma atụ edemede akọmakọ:

**Ụbọchị m agaghị echefu echefu na ndụ m**

Ọtụtụ ihe adapụtala na ndụ m. Mana ụbọchị 7 nke ọnwa Septemba, 2013, oke ihe mere na ndụ m, nke m na-agaghị echefu echefu. Ụbọchị ahụ bụ ụbọchị mbụ m banyere n’ụlọ akwụkwọ mahadum ma bụrụkwa ụbọchị mbụ m hapụrụ nne na nna m laa n’ụlọ obibi ụmụ akwụkwọ; esi m n’ụlọ gaa akwụkwọ sekọndịrị.

Mgbe m gafere n'ule ịbanye mahadum, ọṅụ jụrụ m obi. Nne m na nna m jupụtara n’aṅụrị nke na ọ dịghị anya, ha gbalịrị zụtachara m ihe e depụtara maka mbido akwụkwọ. Ka mbido akwụkwọ fọrọ abalị ole na ole, agara m gwa ndị ikwu na ibe, na ndị enyi m maka mmalite akwụkwọ anyị; akpọkwara m ụfọdụ n’ekwe-ntị. Ka echi ya akwụkwọ ga-amalite, ọtụtụ ndị enyi m, na ikwu na ibe gbakọrọ be anyị iji meere m mmemme ịsị m gaa nke ọma. N'uchichi, ka ha lasịrị, ejiri m nwayọọ pịakọchaa akwụkwọ, uwe, akpụkpọ ụkwụ na ihe ndị ọzọ m ga-eji laa n’ụlọ akwụkwọ n'ime ọmarịcha akpatị ọhụrụ a zụtaara m. Ụra ekpeghi m n'anya n’abalị ahụ, n'ihi na obi m niile dị n’ịga ụlọ akwụkwọ Mahadum Naịjirịa, Nsụka. Ọ dịzị m ka chi foo ọsọ ọsọ ka m gawa agawa.

Ka anyị kpesịrị ekpere ụtụtụ, ka chi foro, nne na nna m nyere m ndụmọdụ, nyekwaa m ego mmachi akpa ma gwa m ka m gaa jikere. Nna m bupụtara ụgbọ ala ya nke m sacharala n’isi ụtụtụ ahụ. Ka m jikechara, eburu m akpa na ihe m ndị ọzọ tụnye n'ụgbọ ala. Anyị metụrụ aka n’ọnụ, m yiri uwe m, gaa meghee ụzọ, banye n’ụgbọ ala. Ka nne m na nna m jikechara, ha batara, anyị wee gawa. M jiri

aṅụrị na-efere onye ọ bụla aka. N'ụzọ, nne m goteere m ahụekere, oroma na unere. Anyị rutere n'ụlọ akwụkwọ ahụ n'elekere 12 nke ehihie.

Ka anyị rutere n'ama ụlọ akwụkwọ, anyị hụkwara ndị ọzọ ka ha na-abatasị, ma ndị ji epeepe keke ma ndị ji ụgbọ ala. Anyị gara n'ụlọ ọrụ ebe e denyere aha m n'akwụkwọ. E nyere m ọnụ ụlọ ebe m ga-ebi n'ihi na akwụọlara m ụgwọ akwụkwọ. Akpọrọ m otu nwata akwụkwọ rịọ ya ka o duga m n'ebe aha m pụtara. Ụmụ akwụkwọ bịara nyere m aka bubaa ngwo ngwo m. Nne m na nna m sịrị m gbado anya, wee lawa. Anya mmiri ruchiri m anya ka m kwụ na-ele ha ka na-ala. Elegidere m ha ruo mgbe ha gafesịrị ọnụ ụzọ ụlọ akwụkwọ; ọ di m ka m sorokwa ha laghachi azụ. Otu nwata akwụkwọ hụrụ ka m si nọdụ ma kụọ m aka sị; "enyie, bawa, etu a ka o si adị"

Ka ha lawasịrị, abaghachiri m azụ kwazie ihe m. N'elekere ise na mgbede ya, agaghariri m n'ụgbọ a kpọdoro n'ahụ aja gụọ ozi dị iche iche a mapadoro na ha. Apịpụtakwara m ọwa ozi mahadum, gụtọpụ ihe ndị ọzọ a tụrụ anya n'aka ndị ọhụrụ.

Mgbe ahụ ka m chọpụtara na ọrụ dị n'isi azụ. Agaghị m echefulata ụbọchị ahụ echefulata.'

**NNWALE ONWE II**

- Dee edemede akọmakọ ga-akwụsị n'arịrị, 'M gara amara na-ekpe azụ' maka otu ọkpụrụkpụ ihe dị egwu mere na ndụ gị.

## 3.2 Nkọwa edemede nkọwasị

Nke a bụ edemede na-akọwa ihe ma ọ bụ ọnọdụ ihe. Ọ bụ edemede nke odee na-esite na ya kpụọ onyinyo n'ụdị na onye na-agụ ihe ọ na-ede ga-ahụta ihe ahụ ọ na-akọwa n'ụdị ọ si dee ma ọ bụ kọwaa ya. Nke a ga-eme ka ọgụụ were anya ime mmụọ hụ onyinyo ndị a ka ihe ọ na-ahụ anya. Onye na-agụ ihe e dere ga-ahụ ihe e dere etu e si dee ma ọ bụ kọwaa ya. N'ime edemede nkọwasị, odee ga-enwe ike

webata atụmatụ ntụlekọta dị iche iche dị ka mbụrụ, myiri na mmemmadụ. Ọ ga-agbakwa mbọ hụ na o ji mkpụrụ okwu ga-ewepụta oyiyi ihe ọ na-ede nke ọma. N'ime nke a, ọ ga-enwe ike kọwapụta ihe na-abụghị ihe ahụ ọ na-akọwa kpọm kwẹm. Ọgụụ ga-ahụ ihe ndị a ka ihe yitere ihe a na-akọwa, ma ọ bụ nke ya na ya eyighị nke ga-enyere ya aka ịhụta ndị iche. N'ịkọwa "Anyịnya Igwe Ọhụrụ M", odee kwesiri ime ka a hụta ihe kewapụrụ anyịnya igwe ahụ na ndị ọzọ. Ihe ndị a nwere ike ịbụ ụdị ya, ọnọdụ ya, oge e wepụtara ya, ụcha ya nakwa ihe ọ bụla ọzọ dị n'ahụ ya dị iche, nke na-adịghị n'ụdị anyịnya igwe ndị ọzọ.

Edemede nkọwasị na-emetụkarị ihe abụọ aka. Nke mbụ, ọ na-eme ka ozi ma ọ bụ ihe e bu n'obi doo anya nke ọma, n'ụzọ ọgụụ ga-esi kwenye ma hụba ama ihe a na-akọwa maka ya. Nke abụọ bụ na ọ na-akọwasị ihe n'ụzọ ọgụụ ga-esi were anya ime mmụọ ghọta ma ọ bụ nwee mmetụta n'ụzọ e siri nwee mmetụta maka ihe ahụ a na-akọwa.

Edemede nkọwasị ọ bụla ga-agbadoriri ụkwụ na nsiri-hụ odee nke metụtara ụzọ ndụ ndị dị ndụ ma ọ bụ ndị nwụrụ anwụ, n'ụdị ihe mere eme ma ọ bụ ihe a rọrọ arọ, nke ga-adị n'ụzọ ndị mmadụ ga-esi kwenye na ya.

### 3.3 Nhazi edemede nkọwasị

Nhazi bụ usoro edemede nwere ike ịgbaso n'odide ya. Edemede nkọwasị nwere ike ịdị n'agba usoro nhazi mmalite, etiti na njedebe. Nke a na-akọwa na edemede ga-enwe mmalite, nke ga-edubanye ọgụụ n'isi okwu a na-ekwu maka ya. Nkọwasị ga-apụta ihe n'etiti edemede, a chịkọtazie ya ọnụ na mmechi edemede. Usoro nke a ga-eme ka ọgụụ ghara ichemi echiche echemi tupu ọ ghọta ihe odee na-ede maka ya.

Odee nwekwara ike ịmalite edemede ya n'etiti akụkọ ya. Nke a ga-eme ka ọgụụ chemie echiche ka o wee ghọta ka ya bụ akụkọ siri malite.

N'ikpeazụ, odee nwere ike ịkpọghachị ọgụụ azụ n'edemede ya site n'iwebata obere akụkọ nke mere na mmalite akụkọ ahụ. Mgbe ụfọdụ, usoro nhazi a nwere ike ịgbagwoju ọgụụ anya.

Ọmụma atụ edemede nkọwasị:

- Ahịa Obodo M
- Ụlọ Akwụkwọ M
- Ezigbo Enyi M

**Otu Onye Ukwu M Mara Nke Ọma**

Otu onye ukwu m mara nke ọma bụ Ichie Omereọha. Ọ bụ onye Igboukwu. Nwoke a so na ndị obodo ya jiri biri nke na a gụwa a gụnyeghị ya, a mara na onye iro so gụ.

Ichie Omereọha mara mma nwoke, topụ, bịa na-enwu zụụ. Ọ nwetụrụ ahụ mana o bughi ibu. Isi ya kwọchara nwa ntakịrị mana ntutu fọrọ ya n'isi na-eji kpikpikpi. O nwere ọpịọpịọ imi na anya na-eke zizizi. Ọnụ ya mere mkpitimkpi ma ọ saghee ọnụ. Eze ya na-enwu ka ọdụ. Afụ ọnụ, nke ọ na-ahapụ ka o totụ mere ka ihu ya na-adị ebube. Ọ na-eyikarị uwe mgbada ọcha na okpu na-adịwakwa ọcha. Ọ na-ekpukwa okpu mmee na efe isi agụ oge ụfọdụ. Mgbe ọ bụla, ọ na-eji mkpọ n'aka na-erekoli ije.

Ichie Omereọha bụ di ji. Mana ọ na-akpakwa ewu na atụrụ na ọkụkọ ndị na-enugharị ka aja dị n'ala n'ekwuru ya. N'ezie, Ọbasị goziri ya, nye ya akụ na ụba. O nyekwara ya ọmụmụ site n'aka odozi akụ ya bụ Agbọmma.

Tụpụ Ichie Omereọha alata birizie n'obodo ya, ọ rụrụ ọrụ Bekee. O mechara laa ezumike ọrụ mana ike ọrụ agwụbeghi ya. Ọ rụkwara ọtụtụ ọrụ ọma n'obodo ya tinyere itinye ndị mmadụ n'ọrụ Bekee. Nwoke a anaghị aza Omereọha na nkịtị. Ọ bụ mgbe o wuchara ụlọ ọgbakọ ndị obodo ka e chiri Omereọha. Ugbu a, ọ na-azụ ụmụ aka asatọ na sekọndịrị na mmadụ atọ na mahadum. Ndị Igbo kwuru na aha a bara onye na-achọga ya. N'ebe Omereọha nọ, nke a bụ ezi okwu. Ọ naghị anụ ube ogbenye wepụ ihu nke ọ na-ahụ onye nọ na mkpa ghara inyere ya aka.

Ọ bụ ezie na ọ bụghị gọvanọ nke ọ bụ onye isi ala, mana n'ebe ndị obodo ya nọ, ọ nweghi onye dị ka ya. Omume ya mere ya ọ bụrụ onye ukwu. Ugbu a, o so na ndị na-ahazi ka ihe si aga n'obodo ya.

Ahụbeghị m ma nwoke ma nwaanyị onye na-ekwujọ Ichie Omereọha. Ọ bu ụdịrị mmadụ a ka aha ya na-adịgide ebighi ebi. Ekpere m bụ ka Chineke chekwebe Ichie Omereọha, ka o nyekwuo ya ahụ ike na ogologo ndụ ka ọ rụrụ ọrụ ọma ya na-aga n'ihu, iji bụrụ ìhè nye ndị ọzọ, ka ha si n'aka ya mata na ịbụ onye ukwu abụghị sọ mgbe mmadụ nọ n'ọkwa dị elu. Ka ndị ọzọ si n'aka ya mata na ịbụ onye ukwu gụnyere bụ mgbe mmadụ na-enyere ndị ọ ka mma aka. Otu a ka m si mara Ichie Omereọha ka onye ukwu.'

**Nnwale onwe nke III**

i. Dee edemede n'isi okwu a, 'Ụbọchị e were m na Mahadum'.

## 4.0 MMECHI

Ka a kụzicharala edemede akọmakọ na nkọwasị, o kwesikwara ka ụmụ akwụkwọ mara ihe edemede abụọ a bụ kpọm kwem n'ụdị iwepụ mgbagwoju anya n'ịmata ihe dị iche na ha abụọ. Ihe ndị a ka e depụtara maka ọgụgụ ụmụ akwụkwọ.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Edemede akọmakọ bụ edemede odee depụtara n'ụzọ akụkọ, nke sitere n'ihe mere na ndụ; ebe edemede nkọwasị bụ edemede odee dere n'ụzọ nkọwa ihe ndị ọ ma ma ọ bụ hụta. Ihe dị mkpa n'edemede a bụ na odee na-akaba ahụ depụta edemede ya n'ụzọ ọ ga-esi metụta ọgụụ n'obi ma kpalie mmụọ ya, ka o were anya ime mmụọ ya hụ, sitụ n'imi, nụta ụtọ ma matakwa mbunuche odee n'ụdị inwe nkwenye n'ihe odee na-ede maka ya.Ya bụ edemede ga-agbasoriri otu n'usoro nhazi atọ a: usoro nsonye, mmalite, etiti na mmechi.

**IHE OMUME**

Depụta myiri na ihe dị iche ise ise dị n'etiti edemede akọmakọ na edemede nkọwasị.

## 6.0 NRỤTỤAKA/ NGỤMI


Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ  Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension

(mkpanaka)

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985)*Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient

Publishers

## YUNIT 2: EDEMEDE NKỌWAMI NA EDEMEDE ARỤMỤKA

### NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọm kwẹm
    3.1 Edemede nkọwami
    3.2 Edemede arụmụka
    3.3 Njirimara edemede e deziri edezi
    3.4 Atụmatụ okwu odee
    3.5 Iwu nsụpe ụtọasụsụ Igbo odee
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Nrụtụaka/ ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Na yunit gafere, e lebara anya n'edemede akọmakọ na nkọwasị. A tụlere nkọwa na nhazi ha. A ga-elebakwazị anya n'ụdị edemede ndekọ ndị ọzọ ka ọgụụ ghọta ihe dị iche na ha. N'ihi nke a, nkeji ihe ọmụmụ a ga-akụziri nwata akwụkwọ etu e si ahazi edemede nkọwami. A ga-agba mbọ hụ na a rụtụrụ aka na njirimara edemede e deziri ọfụma ka ọgụụ site na ya mụtakwuo ka e si ede edemede Igbo.

E bu n'uche na onye ọ bụla sonyere na nkuzi ya ruo na njedebe ga-enwe ike:

i. kọwaa edemede nkọwami na etu e si ahazi ya ma nyekwaa ihe atụ dabara ọfụma.

ii. kọwaa edemede arụmụka na etu e si ahazi ya ma nyekwaa atụ dabara nke ọma.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Edemede nkọwami

Nke a na-akọwa usoro ma ọ bụ ụzọ dị iche iche e si emepụta ihe. A na-ejikwa ụdị edemede a atụcha, atụle ma ọ bụ akọwa ihe, d.k. mmadụ, ebe, umezi, mmetụta obi, ọnọdụ wdg. N'ide ya, odee ga-ede n'usoro ọgụụ ga-esi ghọta usoro e si eme ihe ahụ mgbe ọ bụla a chọrọ ime ya. Ọ ga-akọwakwa ihe ahụ n'ụdị a ga-esi mata agwa dị iche iche a ga-akpa mgbe a họrọ ime ihe ahụ ma ọ bụ asụsụ ọpụrụ iche e ji akọwa usoro ahu. Ụdị edemede a so n'edemede nwere ike ịchịpụta mmadụ ọkpa n'ezi. Mgbe ụfọdụ, mmadụ na-ahapụ ihe a sịrị ya dee debe ihe ọzọ. Mgbe ụfọdụ kwanụ, a na-edekata ya, pụta n'ụzọ, tọkịrị. Mgbe odee tọkịrị, ọ gaghịzị ama ihe ọ ga-ede. Ọ gaghị ama ma ọ bụ ya malitekwa n'isi ma ọ bụ ya hapụ ya ebe o dedebere ya. Edemede nkọwami na-egosipụta echiche odee gbasara ihe ọ na-ede maka ya. N'ụdị edemede a, odee na-ezipụta ihe dum o nwere ike ide iji kọwami ihe dị iche iche ọ ma maka ihe ọ na-ede. Ọmụma atụ edemede nkọwami gụnyere:

- Ọnwụ
- Uru osisi bara na ndụ mmadụ
- Ọchịchị onye kwuo uche ya

#### Nhazi edemede nkọwami

Dị ka edemede ndị ọzọ, edemede nkọwami na-enwe mmalite, etiti na mmechi. Odee nwekwara ike ịhazi echiche ya na nkebi edemede na nkebi edemede. Ọ dị mkpa na odee ghọtara isi okwu ọ na-ede maka ya nke ọma ka o nwee ike mara ihe ọ ga-ede na nkebi edemede ọ bụla. Ọmụma atụ:

#### Nkwalite Ọrụ Ugbo N'ala Igbo

Ihe e ji mara ala Igbo bu ọrụ ugbo. N'oge gboo, ọ bụ n'ọrụ ugbo ka ala anyị naara enweta akụ na ụba ha ji egbo mkpa dị iche iche. Ma mgbe a chọpụtara mmanụ agbidi e si n'ala egwupụta, ndị ala anyị malitere ịda mba ma leghara ọrụ ugbo anya. Ugbu a, isi akwa adịkwaghị ebe e kechiri ya kamgbe ụkwụ malitere ịkpọ

ahịa mmanụ na mgbe ndị ntorobịa ji hapụwa ime obodo na-agbaga n'obodo mepere emepe maka ikpori ndụ. Naanị ndị okenye ka a hapụzịrị ọrụ ugbo. Ka ọ dị ugbu a, agụụ amalitela ịfịọ mmadụ ọnụ. Ọ dịzị mkpa na onye ọ bụla ga-etinye aka ibuso agụụ agha site n'ịkwalite ọrụ ugbo, ọkachasị ndị aka siri ike.

Iji mee ka ndị a aka siri ike nọrọ n'ime obodo ebe ala dị, ghara ịdị na-agbaga n'obodo mepere emepe ebe ala na-adịghị, ọ dị mkpa ka e mepee ime obodo site n'itinye ihe ndị na-enyere ndụ aka, dị ka, mmiri pọmpụ, ọkụ eletrik, ụlọ ọgwụ, ụlọ akwụkwọ, okporo ụzọ dị mma, ịndọstrị na ụlọ mmepụta akụ dị iche iche. Ọ bụ mgbe a nọdewere ntị ka a ga-amata ya ụra.

Ka e wee kọpụta ihe oriri ebe ọ di ukwu, a ga-eme ka inweta ala dị mfe ka onye ọ bụla chọrọ ịkọ ọrụ ugbo nweta ala ga-ezuru ya. Ọ dịkwa mkpa na a ga-enweta mkpụrụ akụkụ ndị dị ezi mma tinyere ọgwụ na-egbochi ọrịa na ụmụ ahụhụ na-atagbusi ihe a kụrụ n'ubi. Ndị ọrụ ugbo ga na-agbaziri na-akụzikwara onye ọ bụla tinyere aka n'ọrụ ugbo ụzọ kasị mma iji kọpụta ihe oriri ma ọ bụ zụlite ụmụ anụ. Ha ga-eme ka iweta nri ala dị mfe ma dịkwa ọnụ ala. Ndị ụlọ akụ ga na-agbazinye ndị ọrụ ugbo ego n'etinyeghi ọmụrụ nwa buru ibu. Ego a ga-enyere ndị ọrụ ugbo aka ịzụta ihe ha chọgasịrị maka ọrụ ha na iji na-akwụ ndị ọrụ ngo ụgwọ ọrụ.

A tụrụ ilu sị na onye a na-enyere aka na-enyere onwe ya aka. N'ihi nke a, ndị ọrụ ugbo ga na-enwe ezi mmekọrịta na inyeritara onwe ha aka. Ha nwere ike nwee òtù ebe ha ga-ejikọ aka zụta igwe dị iche iche ga-enyere ha aka n'ịrụpụta ọrụ n'uju. Ha nwekwara ike jikọọ aka ọnụ rụpụta ụlọ nchekwa nri ha na-akọpụta ma ọ bụ ire ihe ndị ha na-akọpụta, maka na a nyụkọọ mamịrị ọnụ, ọ gbọọ ụfụfụ.

Ndị ọchịchị ga na-agba ndị ọrụ ugbo ume site n'ịtụpụta atụmatụ ga-eme ka inweta ngwọ ọrụ, ala, ego, mkpụrụ akụkụ, nri ala na ire ihe a kọpụtara dị mfe. Ha ga-arụ ma na-emezi okporo ụzọ ndị e nwere ike isi na ha na-ebupụ ihe a kọpụtara. Ndị ọchịchị nwekwara ike gwuzowe otu ga na-azụrụ ihe ndị ọrụ ugbo kọpụtara ma ọ bụ wuo ahịa nwere agba ebe ha ga na-erepụ ihe ha kọtara. Nke a ga-eme ka ọ na-agụ ndị ọrụ ugbo agụụ ịkọkwa ọzọ. Ha nwekwara ike wepụta ihe nrite maka ndị gbakarịsịrị mbọ n'afọ ọ bụla, maka na e too onye gburu ọkụkọ, ụbọchị ọzọ, o gbuo ehi.

Aka nọrọ nkịtị agụụ egbuo ọnụ. Ọ bụ aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ. Ọ bụrụ na onye ọ bụla gbasie mbọ ike, ma onye ukwu ma onye nta, tinyere ndị ọkaa n'ọrụ ugbo, ndị ụlọ alụ na ndị ọchịchị n'ihe gbasara ịkọpụta nri, nri ga-abụ atụrụ tawa n'ala anyị.

## NNWALE ONWE I

- Kọwaa edemede nkọwami n'uju.

## 3.2 Edemede arụmụka

Nke a bụ edemede a na-enwe mgbagha na ya. N'ụdị edemede a, a na-achọcha, wekọta chịkọta ma kwupụta nkwenye gbasara isi okwu a na-ekwu maka ya n'ụzọ doro anya. Ọ dị ụzọ abụọ e si agbagide ya; ha 'ọnọdụ nkwenye' na 'ọnọdụ ekwenyeghi'. A ga-ahazi ọnọdụ ndị a dị ka echiche na mkpebi odee n'isi okwu ahụ si dị. Ọ bụrụ na odee kwenyere n'isi okwu ahụ, o nwere ike ibu ụzọ weta ọnọdụ njụ; e mesịa, o webata ọnọdụ nkwenye ya n'uju. N'aka nke ọzọ, ọ bụrụ na mkpebi ya bụ na ọ nabataghị isi okwu ahụ dị ka o si dị, o nwere ike ibu ụzọ weta ọnọdụ nkwenye; e mesịa, o webata ọnọdụ njụ mana agbanyeghi ọnọdụ ọ bụla odee were, ọ ga-ebu ụzọ kọwapụta ihe isi okwu edemede ahụ bụ n'egosipụtaghị mkpebi ya n'oge ahụ.

Nke a na-egosi na edemede arụmụka metụtara echiche 'ekwere m' na 'ekweghi m'. Ọ bụ edemede na-enye mmadụ ohere ịtụlekọta echiche abụọ. Odee na-atụle uru na ọghọm dị n'isi okwu e nyere ya ma họrọ nke ọ kwadoro site na ntụle ya. A tụrụ anya na onye ọ bụla na-ede edemede arụmụka ga-eji ngwa ngwa chemie echiche iji hụ na o dere ya nke ọma. O nwere ike iwebata ilu, akpa-ala-okwu na atụmatụ okwu ndị ọzọ. Edemede arụmụka na-azụlite nka arụmụka.

### Nhazi edemede arụmụka

E nwere ike ide edemede arụmụka na nkeji edemede na nkeji edemede. Odee kwesiri ibu ụzọ chepụtasia ndịna isi okwu ya, hazịe ha n'usoro ọ ga-agbaso ma

webata ha n’edemede ahụ. Ọ ga-atụle mpekere isi okwu ọ bụla n’otu nkeji edemede. Na mmalite, a ga-akọwa isi okwu edemede ma tụpụta ọnọdụ abụọ e nwere ike ikwu maka ha n’isi okwu ahụ tupu a họrọ nke a chọrọ ịgbakwasị ụkwụ ka a na-ede edemede, ya bụ, ọnọdụ nkwe ma ọ bụ ọnọdụ njụ. Na nkeji edemede ọ bụla, odee ga-akọwazị ihe kpatara o ji were ọnọdụ o were. Na mmechi, ọ ga-ejizi ọkpụrụkpụ ndịna isi okwu chịkọta echiche ya ma ọ bụ nkwenye ya gbasara isi okwu o dere. Ọmụma atụ edemede arụmụka gụnyere:

- Dibịa oyibo bara uru karịa onye nkuzi
- Nne bara uru karịa nna n’ezi na ụlọ

**Oke mmefu ego gbasara ili ozu na ịkwa ozu n'ala Igbo abụghị ihe kwesiri ekwesi.**

Mgbe mmadụ bisiri ndụ n’ụwa nke a, dị ka Chineke kere ya siri kpebie, ọ na-anwụ; ndị ikwu na ibe ga-eli ya. Nke a gachaa, a kwaa ya. Ili ozu na ịkwa ozu bụ ihe dị mma iji kwanyere onye nwụrụ anwụ ugwu na iji mee ka o zuru ike na be n’ala mmụọ. Dị ka ndị Igbo siri kwenye, ozu a kwaghị akwa anaghị ezu ike n'ala mmụọ. Ọ bụ ezie na a ga-eli, kwaa onye nwụrụ anwụ mana echeghi m na oke ego a na-emefu n’ili na ịkwa onye nwụrụ anwụ bụ ihe ziri ezi.

Ugbu a, ndị mmadụ na-ama aka, na-ekiri ndị ọgaranya n’olili ozu na ọkwụkwa ozu, nke ha tụgharịrị ọ dịzịa ka ichi ọzọ na ịgba ọfala. Ọtụtụ mmadụ ji 'ma m mee ka ibe m mere' akwa ozu. N’ihe gbasara ili ozu na ịkwa ọzụ n'ala anyị, ọtụtụ na-ekonye akpa ha n’ebe aka ha agaghị eru. Ugbu a, ọ bụrụ na mmadụ anwụọ, ọ bụrụgodu na ọ nọrọ be ya nwụọ, kama a ga-eli ya, ọtụtụ na-eburu ozu dote n’ụlọ nchekwa ozu ruo mgbe ha kwadotere mmemme n’ụzọ ga-akpọtụ akpọtụ.

Nkwado a na-ebute oke mgbagharị na ịchọ ego iji rụzi ụlọ na ikonukọ ndị ga-eke ekike n’ụbọchị ahụ. A ga-ego ehi, ewu na ọkụkọ na ihe erimeri dị iche iche a ga-esipịa n’ụbọchị akwamozu. A naghị ekwu maka ụdị mmanya dị iche iche. A ga-achọ ndị na-ese onyoonyo, foto, ndị egwu, na ndị okwuru ọha. A gaghị ahapụ izisa ozi na redio, televishọn, na akwụkwọ akụkọ tinyere ịnyapa na igwuzobe foto onye ahụ nwụrụ anwụ n’ọtụtụ ebe. A ga-emekwa ka onye ga-agba egbe n’ụdị ọ ga

na-akpọtụ dị njikere. A ga-azụta igbe ozu ga-abụ e-lelewe-e-jeghị-ọrụ buga n'ụlọ nchekwa ozu, kwụọ ụgwọ ụgbọ opi ozu, nke ga na-egbu opi ma o buru ozu ahụ. A ga-akwazi ụlọ, dozie akwa ebe a ga-adọkwasa ozu, nke ga-adị n'ụdị onye ahụ nwụrụ anwụ arọtaghị na nrọ idina mgbe ọ dị ndụ. N'ihe dị ka elekere asaa n'ụtụtụ ụbọchị a ga-eli onye ahụ, a ga-ebulata ya, dote ya ka ndị mmadụ hụ ya anya ikpeazụ. N'ihe dị ka awa atọ na-esotenu, mgbe a kasịrị ụka, nke ọtụtụ òtù ụka ji akpa ego, e buru ozu ahụ lie ya. Malite mgbe ahụ, oriri, ọṅụṅụ, iti egwu, ịgba egbe, nke a ga-emegide ruo abalị atọ ebiri ọkụ. Ọ bụghị obere ego ka ihe ndị a niile na-eri n'agbanyeghị na ihe ụfọdụ n'ime ihe ndị a adịghị mkpa nke ha ji aba uru. Etu o sila dị, ọtụtụ na-ewere onye na-emeruchaghị ha otu a ka onye iberibe na onye anaghị emebe ọfụma. Nke a na-eme ka oke soro ngwere maa mmiri.

Oke mmefu ego a dị n'olili na akwamozu na-emezi ka uche na-egbu ndị aka na-esiteghị ike, nke na akwa ha na-ebekarị ma onye nke ha nwụọ abụghị mwute maka onye nke ha nwụrụ kama ọ bụ maka amaghị ka a ga-eme mkpa so ọnwụ ya. Ọtụtụ na-edote akwamozu onye nke ha ogologo oge. E wepụ ibite ego ọmụrụ nwa, ụfọdụ na-ere ala na ihe ha jigasị biri n'ụlọ naanị ka ha mara ma ha ga-ahụ ihe ha mere iji kwanyere onye nke ha lara mmụọ ugwu. Ụfọdụ na-atọ n'echiche na n'ejimụgwọ nke na-ebutere ha ọbara mgbali elu.

Ndị ọgaranya, ndị ego na-ehuru ka mmiri, nwere ike na-eche na o nweghi ihe imefu ego n'akwamozu bụ, mana ha ga-amakatakwa na mkpịsị aka dum ahaghị n'otu. O kwesiri ka obodo ọ bụla saa anya na mmiri, wepụta ihe ndị kasị mkpa n'omenala Igbo gbasara akwamozu. Ha nwekwara ike tie iwu otu a ga-esizi na-akwa ozu ka ihe bara ọgaranya bakwuoro ogbenye. Mpako ọkachasị n'akwamozu ekwesighi ekwesi.

Akwamozu bụ iru uju íyì; ọ bụghị ọṅụ nwa. Nnukwu ego a na-emefu n'akwamozu abụghị ihe kwesiri ekwesi.

**NNWALE ONWE II**

- Dee edemede arụmụka n'isi okwu a, "Ekpemekpe ụka Kraịst ka mma karịa ekpemekpe ọdinala".

## 4.0 MMECHI

Yunit a tụlere ụdị edemede abụọ; ha bụ edemede nkọwami na arụmụka. A ga-achọpụta na e nwere ebe ha yitere ma dị iche. A tụrụ anya na oge a na-agụ ihe omume a, ọgụụ na-agba mbọ hụ na o tinyere uche n'ịmata ebe ofu si dị iche n'ibe ya. Nke a dị mkpa maka na o nwere inye ike igbagwoju ọgụụ anya. E lebakwara anya n'atụmatụ okwu e nwere ike iwebata n'edemede ndekọ. Ọ dị mkpa ka a gụọ ma ghọta ihe ha ọfụma iji mata ihe a na-atụ anya n'aka odee n'edemede ọ bụla.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Edemede nkọwami bụ ụdị edemede e ji atụcha, atụle ma na-akọwa ihe, mmadụ, ebe, mmetụta obi na ọnọdụ dị iche iche. Edemede arụmụka bụ ụdị edemede e ji ezipụta mgbagha gbasara isi okwu a na-ede maka ya. A na-ahazi ha abụọ n'usoro mmalite, etiti na mmechi. Etu o sila dị, etu e si ezipụta isi okwu na ha abụọ abụghị otu. Edemede nkọwami na-agba isi okwu ya ọtọ ebe edemede arụmụka na-arụ ụka maka nkwenye ma ọ bụ ekwenyeghi n'isi okwu.

## IHE OMUME

i. Kọwaa edemede nkọwami na edemede arụmụka.
ii. Nye atụ isi okwu atọ dabara na nke ọ bụla n'ime ha.
iii. Họrọ otu isi okwu na nke ọ bụla na ndị i depụtara dee edemede nkọwami na edemede arụmụka

## 6.0 Edensibịa Ngụmi

Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension (mkpanaka) CFV

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985) *Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers

## YUNIT 3: EDEMEDE LETA

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

  3.1 Edemede leta

  3.2 Leta keonye/kempụnụdị

  3.3 Leta anamachọihe/keụdị

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Edemsibịa/Ngumi

## 1.0 MKPỌLITE

Na nkeji nkuzi a, a ga-elaba anya n'edemede leta, otu n'ụdị edemede e nwere n'asụsụ. A ga-akọwa edemede leta na ụdịdị ya. Nke a dị mkpa maka na nwata akwụkwọ ọ bụla kwesiri ịma etu e si ede leta ma na-ezi ozi. Nke a gụnyere isi okwu e nwere ike ide maka ya na etu a ga-esi hazie ya iji nweta echiche e bu n'obi dee ya.

## 2.0 MBUNUCHE

A tụrụ anya na nwata akwụkwọ ọ bụla sonyere na nkuzi a ruo na njedebe ga-enwe ike:

i. kọwaa edemede leta dị ka ụdị edemede

ii. depụta ma kọwaa ụdị edemede leta e nwere n'Igbo.

iii. zipụta etu e si ahazi leta nke ọ bụla

iv. kọwapụta myiri na ndịmiche dị n'ụdịdị leta e nwere n'Igbo.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Edemede leta

Edemede leta bụ ozi mmadụ ziri site n'idetu ya n'akwụkwọ ma zigara ya onye o deere ya. A na-emekarị nke a ma ọ bụrụ na onye a na-ezi ozi anọghị nso ma ọ bụ na ọ bụ usoro e si eme ihe n'ebe mmadụ na-arụ ọrụ ma ọ bụ òtù o so na ya. E nwekwara ike iji leta zie mmadụ ozi ma ọ bụrụ na odee achọghị ka o zie ozi ahụ ihu na ihu. Ozi ụfọdụ na-aka mma naanị na leta n'ihi na ọ bụ ozi a ga-edetu edetu maka a dịghị ama ama. Edemede leta na-adapụtakarị mgbe mmadụ na-achọ ihe ma ọ bụ ịzaghachi nke e detaara ya.

Nhazi leta dị iche n'edemede ndị ọzọ a kọwarala. Ọ na-ezipụta ebe onye na-ede ya nọ na etu ozi nwere ike isi rute ya aka. A na-akpọ nke a adreesi (adrẹẹs). Ọ na-ebu ụbọchị e dere leta. Ihe ndị a dị mkpa gbasara ozi a na-ezi. Leta na-ebu ekele mmalite na ekele mmechi. Ọ kwesịkwara ka a rụtụ aka na ọ bu ụdị ekele mmalite leta na-ezipụta ụdị ekele mmechi ọ ga-enwe. Nke a pụtara na usoro mmalite na mmechi leta dị iche na nke edemede ndị ọzọ. A ga-eleba ihe ndị a anya n'uju dị ka a na-akọwa ụdịrị leta. Edemede leta dị ụdị abụọ gbara ọkpụrụkpụ. Ha bụ:

- Leta keonye/kempụnụdị
- Leta anamachọihe/keụdị

**NNWALE ONWE I**

- Kọwaa edemede leta. Kedu ka nhazi ya si dị iche n'edemede ndị ọzọ?

**3.2 Leta nkeonye/kempụnụdị:** Nke a bụ leta mmadụ na-edegara onye nke ya, onye ọ ma nke ọma, enyi ya na ikwu na ibe ya. Odee keonye nwere ohere iwebata okwu ụfọdụ pụrụ iche ya na ọnata ji akparịta. O nwekwara ike ịtụ ilu ma ọ bụ webata atụmatụ okwu ndị ọzọ iji gwa onye ọ na-edere leta okwu ma ọ bụrụ na ha hụrụ ihu na ihu.

Ụdị leta a na-enwe mmalite, ahụ na mmechi. Mmalite na-ebu naanị otu adreesị, ya bụ adreesị odee, ụbọchị e dere leta na ekele mmalite. Adreesị leta keonye na-adị n'elu akwụkwọ n'akụkụ aka nri. Adreesị gasịa, ihe ga-esochi ya bụ ụbọchị e dere

leta ahụ. Ọrụ adreesị na-arụ na leta dị abụọ: otu bụ ime ka onye a na-edegara leta mata ebe e si deta leta; nke abụọ bụ ime ka onye e deere leta mata ebe ọ ga-eziga leta nzaghachi ya. A chọpụtara na ọ ka mma ide adreesị etu e si dee ya oge a na-azaghachi ya. Ọ bụghị iwu na a ga-ede adreesị n'Igbo. Ekele mmalite kwesiri ịdị n'ụdị na-egosi etu odee na ọnata si matadebe onwe ha. Ohere dịrị odee ịjụ ase na leta nkeonye; nke a nwere ike ịbụ mmalite edemede leta ahụ. Na mmechi leta keonye, a ga-enwe ekele mmechi; nke a bụ ebe odee ga-anọ kọwaa onye ya bụ ma bụrụkwa ebe ọ ga-edepụta ihe jikọrọ ya na onye ọnata leta. Odee nwere ike ide naanị aha ma ọ bụ aha otutu ya n'etinyeghị aha nna ya.

**NNWALE ONWE II**

- Kọwaa leta keonye n'uju.
- Họrọ isi okwu ọ bụla masịrị gị dee leta keonye

**3.3 Leta ana-m-achọ-ihe/keụdị:** Nke a bụ leta mmadụ na-ede iji rịọ ihe ma ọ bụ mee ka a mata ihe dị ya mkpa. Leta anamachọihe na-ebu adreesị abụọ, nke odee na nke onye a na-edegara (ọnata). Adreesị leta anamachọihe na-adị etu e si nye ya odee mana deeti, isi okwu, ekele mmalite, ahụ leta na ekele mmechi na-adị n'Igbo. Leta anamachọihe na-ebu isi okwu nke na-esote ekele mmalite tupu a banye n'ahụ leta. Na leta anamachọihe, a naghị ajụ ase ma ọ bụ ekele ọnata. Na mmechi ya, odee ga-ebinye aka. Ọ bụrụ na ọ naghị edetali akwụkwọ, ọ ga-abịanye aka abịanye. O binyechaa ma ọ bụ bịanyechaa aka, o deruo aha ya n'isi n'okpuru mbinye ma ọ bụ mbịanye aka ahụ. Leta anamachọihe gụnyere leta anamachọọrụ, leta mkpesa, leta njụase, leta nkọwa, leta ajụmọrụ, leta ajụjụ ọnụ, leta mkpezi, leta nwa nnụnụ wdg.

**NNWALE ONWE III**

- Kọwaa leta anamachọihe n'uju.
- Họrọ isi okwu ọ bụla masịrị gị dee leta achọmọọrụ.

## 4.0 MMECHI

A kọwaala edemede leta na yunit a, ya na ụdịdị ya, ya bụ, leta keonye na leta anamachọihe. E zipụtara na e nwere ebe ha yitere ma dị iche. A tụrụ anya na oge a na-agụ ihe ọmụmụ a, na ọgụụ ga-agba mbọ hụ na o tinyere uche n'ịmata etu leta keonye si dị iche na leta anamachọihe. Edemede leta dị mkpa na ndụ onye ọ bụla tụmadị nwata akwụkwọ. N'ihi nke a, ọ dị mkpa ka nwata akwụkwọ gụọ usoro nhazi edemede leta ma ghọta ya ọfụma iji mata ihe a na-atụ anya n'edemede leta ọ bụla.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchịkọta, edemede leta bụ ederede ozi. Ozi a nwere ike ịdị n'ụdị leta keonye ma ọ bụ leta anamachọihe. Leta keonye bụ leta mmadụ na-edegara onye nke ya ma ọ bụ onye ọ ma nke ọma dị ka enyi na ikwu na ibe. Leta anamachọihe, n'aka nke ọzọ, bụ leta mmadụ na-ede iji rịọ ihe ma ọ bụ mee ka a mata ihe dị ya mkpa. Na leta keonye, e nwere ike maa njakịrị ma ọ bụ jụọ ase ezi na ụlọ onye a na-edegara leta ahụ. Ihe dị etu a adịghị na leta anamachọihe. Nhazi leta keonye dị iche na nke leta anamachọihe. Leta keonye na-ebu otu adreesị ebe leta anamachọihe na-ebu adreesị abụọ. Leta keonye anaghị enwe mbinye ma ọ bụ mbịanye aka.

### IHE OMUME

- Gịnị bụ edemede leta?
- Depụta ihe dị iche na nhazi leta keonye na leta anamachọihe.
- Họrọ isi okwu ọ bụla masịrị gị dee otu leta keonye na otu leta anamachọihe n'uju.

## 6.0 EDENSIBỊA/ NGỤMI

Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension (mkpanaka)

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985)*Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press .

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers

## MODUL 3: EDEMEDE EKEREUCHE

Yunit 1. Nkọwa edemede ekereuche

Yunit 2. Ode edemede ekereuche

Yunit 3. Njirimara edemede ekereuche

Yunit 4. Ụdị edemede ekereuche

## YUNIT 1: NKỌWA EDEMEDE EKEREUCHE

### NDỊNA

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

- 3.1 Nkọwa edemede ekereuche
- 3.2 Edemede ndị bụ ekereuche
- 3.3 Nhazi edemede ekereuche
- 3.4 Aka nka: Asụsụ, nhazi na atụmatụ okwu
- 3.5 Iwu nsụpe asụsụ Igbo odee

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Na modul nke abụọ, a kọwara ụdịdị edemede e nwere. A kụzikwara na odee na-ewebata ekereuche ya n'otu ụzọ ma ọ bụ ọzọ. N'ebe a, a ga-akụzi edemede ekereuche kpọm kwẹm. Nke a dị nnukwu mkpa maka ụdị edemede ọ bụla mmadụ chọrọ ide. A ga-akọkwa ihe a tụrụ anya n'aka ọka edemede ekereuche, aka nka na ihe ndị ọzọ o ji ede ihe.

## 2.0 MBUNUCHE

E bu n’uche na nwata akwụkwọ ọ bụla sonyere nkuzi a ruo na njedebe ga-enwe ike:

i. kọwaa ihe bụ edemede ekereuche na ihe na-abụghị edemede ekereuche

ii. mata onye bụ ọka edemede ekereuche na etu e si ahazi edemede ekereuche

iii. mata iwu nsụpe, atụmatụ okwu na aka nka ụfọdụ ode edemede ekereuche na-ewebata n’edemede ya iji mee ka ọ tọọ ụtọ.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Nkọwa edemede ekereuche

Edemede ekereuche bụ edemede e sitere n'ichemi echiche chepụta ma depụta ya n’ụzọ pụrụ iche. Ọtụtụ oge, ọ na-abụkarị ihe na-adịbụghị na mbụ. E nwere ike ịhazi echiche e chepụtara n’ụdị akụkọ, ejije ma ọ bụ abụ n’ụzọ dabara adaba. Edemede a ga-abụ nke ndị mmadụ ga-agụ ma ghọta ya n’ụzọ ahụ pụrụ iche ọ dị na ya.

Onye edemede ekereuche ga-enweriri anya ime mmụọ, nke ọ ga-eji kpụọ onyinyo ma kepụta ihe. Ọ ga-edozi ekereuche ya n’ụzọ nke onwe, nke gbara ọkpụrụkpụ tupu o detuo ya ka ndị mmadụ si n’ihe ahụ mara ihe si ya n’obi pụta. A naghị ahụ ekereuche anya ganye na e detuo ya n’akwụkwọ. Odee na-agbado ụkwụ na ndụ ma ọ bụ n’ọnwụ mgbe ọ na-ede ya. Ọ na-enwekwa nhazi zuru oke; akụkọ ya ga-agbasoriri nhazi izugbe, nke bụ na e mee nchọcha gbasara ya, ọ ga-apụta ezi okwu.

N'ikpeazụ, edemede ekereuche bụ nchepụta echiche pụrụ iche; ọ pụrụ iche maka na ọ na-egosi nchepụta nke sitere n’ọnatara chi. Nke a bụ ihe kpatara edemede ekereuche jiri pụọ iche.

**NNWALE ONWE I**

Kọwaa edemede ekereuche n’uju

### 3.2 Nhazi edemede ekereuche

Ka agwa siri bụrụ mma nwaanyị, etu a ka nhazi siri bụrụ mma ekereuche. Ode edemede ekereuche na-ahazi ihe o dere n'usoro ọ ga-esi gaa nke ọma. Odee nwere ike gbasoro usoro ikobe ndị ọgụụ obi n'elu, nke na ọ hagide uche ha n'usoro akụkọ edemede ya. Nhazi edemede ekereuche na-enwe:

- Nhazi ntọala oge, na
- Nhazi ntọala ebe

**Nhazi ntọala oge**

Nke a bụ usoro nhazi edemede a na-ehi aka n'anya agbaso mgbe a na-ede edemede ekereuche. Ihe mere e ji ehi aka n'anya bụ na ọ bụ usoro nhazi a ji ekwu oge ihe a na-ede maka ya mere. Ịma atụ, ọ bụ ihe mere n'oge gboo ka ọ bụ ihe na-eme oge ugbu a? Ọ bụ ihe mere tupu ndị ọcha abịa ka ọ bụ ka ha bịacharala?

Chetekwa na odee agaghị agwa ndị ọgụụ kpọm kwẹm n'akụkọ ya mgbe ihe ọ na-ede maka ya mere, ọ bụ okwu odee jiri dee edemede ya ga-egosi ntọala oge. Ọ bụrụ na odee were aha agwa ndị dị ka Chisom ma ọ bụ Chimaobim na aha ndị ọzọ yitere ndị a, ntọala oge ga-abụ oge ọgbara ọhụrụ ma ọ bụ mgbe ndị ọcha bịacharala. N'aka nke ọzọ, ọ bụrụ na o were aha ochie dị ka Nwaafọ, Urenna na aha ndị yetere ha, a mata na akụkọ ahụ mere mgbe ochie.

**Nhazi ntọala ebe**

Nke a bụ usoro nhazi edemede ekereuche nke anyị na-esite n'ihe e dere mara ebe akụkọ e dere maka ya mere. Cheta na odee si n'echiche ya ede mana ihe na-akpalitekarị echiche ya bụ ihe ọ hụrụ n'anya, ihe ọ nụrụ na ntị ma ọ bụ ihe ọ gabigara. N'ihi nke a, onyinyo o webatara n'edemede ya na-egosi n'otu ụzọ ma ọ bụ ọzọ ebe akụkọ ekereuche mere dị ka ma o mere n'ala Igbo, na mgbago ugwu ma ọ bụ na ndịda anyanwụ Naịjirịa. Ụdị ntọala a na-apụtakarị ihe site na mkpọ aha dị iche dị ka n'aha obodo, aha mmadụ, omenala na aha ihe ụfọdụ.

Na nchịkọta, odee na-ahazị ma chịkọta isi ihe niile o dere n'ụzọ masịrị ya. O nwere ike hazie ya n'ụzọ ntọọchị, mwute ma ọ bụ nkobe obi elu. Ọ na-esite na ikikere asụsụ were ma hazie asụsụ, nkeji asụsụ, ahịrị okwu, nkebi ahịrị okwu na mkpụrụ okwu etu o siri masị ya. N'ikpezụ, ọ bụ site na nhazi ka odee si ewere aka nka ọ chọrọ dee edemede ekereuche ya. Aka nka ndị a gụnyere: ndina, ọdịdị, nsireme, ndokọ, agwa, asụsụ, wdg.

**NNWALE ONWE II**

- Kọwaa edemede ekereuche n'uju

### 3.3 Aka nka odee

Aka nka bụ ụzọ odee si ahọrọ ihe ndị o jiri kọwapụta ebumnuche ya. Nke a nwere ike ịbụ ọnatara chi ma ọ bụ mmụta odee gbasoro depụta echiche ekereuche ya n'ụdị ọ bụla. Ọ bụ ụzọ odee si ahọrọ ihe ndị o jiri kọwapụta ebumnuche ya. N'ebe a, o kwesiri ka a mata na aka nka na ebumnobi edemede na-agakọ n'ụdị na ọ bụ ebumnobi edemede na-ekwu ụdị aka nka a ga-ewebata na ya. Ọ bụrụ na ihe ndị a họrọ gara n'usoro ma dakọọ, ha ga-adaba n'olu odee; n'ihi nke a, nkọwa aka nka edemede ọ bụla, gụnyere ịkọwa ụzọ na agbammbọ odee n'imezu ebumnuche ya.

N'agụmagụ ekereuche dị ka abụ, ejije na iduuazị, aka nka na-apụtakarịcha ihe na ndịna. Ndịna gụnyere ndokọ, ọdịdị, akọmakọ, agwa na asụsụ. Shakespeare kọwara na ndokọ edemede ekereuche kwesiri ịgbaso usoro a: ka ihe si kwụrụ na mbido, ka e si tinye aka n'anya, ka emereme si rịa elu, ka e siri gosipụta e jechaa ọ gwụ, ka ihe si dị na ngwụcha. Ọ bụ etu odee si chọdebe edemede ya mma ka e si atụdebe aka nka ya.

**Asụsụ dị ka nka**

Ụzọ mmadụ si eji asụsụ ezipụta echiche ya nwere ike ịbụ nka. Odee ọ bụla na-agbalị ihụ na ndị o na-edere ihe ga-enwe mmasị n'ihe o dere. N'ihi nke a, ọ ga-agba mbọ ịhụ na o tinyere nka asụsụ ya n'ọrụ oge ọ na-ede ihe. Nke a gụnyere etu o si asụpe Igbo, etu o si ewebata olundị iji zipụta echiche ụfọdụ nakwa etu o si ewebata atụmatụ okwu dị iche iche. Ịgbaso iwu nsụpe asụsụ Igbo dị nnukwu

mkpa na nke a. Ezi nsụpe na-eme ka mkpụrụ okwu nwee ezi mkpokọta na nghọta dị ka ụtọ nke asụsụ ahụ si chọọ. Odee ọ bụla kwesiri ịma iwu ndị a. Ha gụnyere:

i. Otu ụdaume ma ọ bụ otu myiri ụdaume nwere ike ịnọrọ naanị ya bụrụ mkpụrụ okwu belu sọọsọ ụdaume 'u' na 'ụ' na myiri ụdaume 'n'.
ii. Ebe ọ bụla mgbochiume dị n'okwu Igbo, ụdaume ga-esoriri ya na-enye ya ụda.
iii. Ụdaume nwere ike iso ụdaume ọzọ mana ụdaume anaghị eso myiri ụdaume.
iv. Myiri ụdaume nwere ike iso ụdaume ma ọ naghị eso myiri ụdaume ọzọ. Ọ naghịkwa eso mgbochiume.
v. Mgbochiume nwere ike iso myiri ụdaume ma mgbochiume ndị na-eso myiri ụdaume 'm' enweghị ike iso myiri ụdaume 'n'. Mgbochiume anaghị eso mgbochiume mana o nwere ike iso ụdaume.
vi. Mkpụrụ ụda asụsụ Igbo niile nwere ike ibido mkpụrụ okwu mana ndị - nwere ike ijedebe mkpụrụ okwu bụ ụdaume niile na myiri ụdaume 'm'. Mgbochiume niile na myiri ụdaume 'n' anaghị ejedewe mkpụrụ okwu Igbo.

Etu o sila dị, odee ga-agba mbọ jiri Igbo Izugbe dee Igbo. Ọ bụ iwu nsụpe ụtọasụsụ Igbo a ka odee akwụkwọ nkuzi a gbasoro.

### 3.2 Edemede na-abughị ekereuche

Ihe niile nwere adịgboroja; edemede ekereuche nwere nke ya. Nke a bụ edemede ndị ahụ na-anaghị anabata ịchọ mma n'ụdị ọ bụla, ma bụrụkwa ndị nwere usoro e si ede ha. Ọmụma atụ edemede na-abụghị ekereuche gụnyere:

- Edemede gbadoro ụkwụ n'ihe ngụkọ, mgbakọ na mwepụ dị ka Aritimetik, Jiografi na ihe ndị ọzọ.
- Edemede na-anata akụkọ ala n'ụdị dị iche iche ma ọ bụ ịrọgharị akụkọ mere eme.
- Edemede na-anabata akwụkwọ onye ọzọ dere abụghị edemede ekereuche.

**NNWALE ONWE III**

- Nye atụ edemede na-abụghị ekereuche

- Kedu ka edemede ekereuche si dị iche n’edemede ndị ọzọ?

## 4.0 MMECHI

Yunit a kọwara edemede ekereuche, aka nka odee na ihe na-egosi na odee bụ odee ekereuche. Site n’ihe a kọwarala, ọgụụ ga-aghọta nhazi edemede ekereuche na ihe na-abụghị edemede ekereuche.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Ekwe kụọ, ama agbaa. Ya bụ ekwe nkuzi nkọwa edemede ekereuche, ihe na-abụghị edemede ekereuche na nhazi edemede ekereuche uche akụọla. Ya bụ ekwe kụrụ na nkọwami edemede ekereuche; ọ bụ echiche a rọrọ arọ, nke e zipụtara n'ụdị abụ, iduuazị na ejije; na ihe ndị na-abụghị edemede ekereuche. Ekwe a kụkwara na nhazi edemede ekereuche: nhazi ntọala ebe na oge, nhazi asụsụ, nhazi agwa, nhazi echiche, nhazi nsireme, nhazi ọdịdị, wdg.

Ka ya bụ ekwe kụrụ, a tụzịrị anya na ị bụ ịgba mbọ hụ na ha gụrụ ma mụta ihe ndị a.

### IHE OMUME

i. Gịnị bụ edemede ekereuche?

ii. Kọwaa nka ndị na-egosi na odee bụ onye edemede ekereuche.

iii. Kedụ etu e si ahazi edemede ekereuche.

## 6.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka Na Nnyocha Agụmagụ Igbo*: Sam Orient Publishers.

Otu Iwelite Asụsụ Na Omenala Igbo Ọkaasụsụ Igbo (1985). Varsity Industrial Press Ltd.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension (mkpanaka) CFV

## YUNIT 2: ODE EDEMEDE EKEREUCHE

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọm kwẹm
 3.1 Onye bụ onye ode edemede ekereuche
 3.2 Onye na-abụghị ode edemede ekereuche
3.3 Akanka ode edemede ekereuche
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Nkuzi a na-akpọlite onye bụ ode edemede ekereuche, onye na-abụghị ode edemede ekereuche na aka nka ha. Ọzọ kwa, a kụziri aka nka odee, atụmatụ okwu ụfọdụ, iwu nsụpe na ihe ndị ọzọ odee na-agbado ụkwụ na-ede edemede.

## 2.0 MBUNUCHE

A tụrụ anya na onye ọ bụla sonyere na nkuzi a malite n'isi wee ruo na njedebe ga-amata

i. onye bụ ode edemede ekereuche
ii. onye na-abụghị ode edemede ekereuche
iii. na aka nka e ji ede edemede ekereuche.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Ode edemede ekereuche

Ka e lebachara anya n'ihe bụ edemede ekereuche na ihe na-abụghị edemede ekereuche, ajụjụ bụzị, kedụ ka edemede ekereuche si apụta ihe? Ọ bụ onye ọ bụla

na-ede edemede ekereuche? Ọ bụrụ na ọ bụghị onye ọ bụla na-ede edemede ekereuche, kedụ ndị na-ede ya?

Na nkọwa, ode edemede ekereuche bụ onye ọka edemede na ọka echiche; ọ na-echemi echiche chepụta ihe ndị ahụ na-adịbụghị na mbụ. Odee ahụ bụkwa ọkaa ka asụsụ na atụmatụ okwu o ji ede edemede ekereuche ya ọfụma. Anya na-eru ya ala n'ịchịkọta akụkọ ọ nụrụla ma ọ bụ hụ n'anya, ndị ọ ga-eji mere isi okwu edemede ekereuche ya. Ọ bụ onye nwere nka mgbatị akụkọ. Ọ mara iwu nsụpe asụsụ edemede ya ma nwee aka nka nke onwe. Ya bụ na odee bụ onye ma nke ekwe na-akụ na nka agụmagụ na edemede ekereuche.

**NNWALE ONWE I**

- Depụta ndị ode edemede ekereuche ise ị ma n'Igbo na aha edemede ekereuche ha.

**3.2 Onye abụghị ode edemede ekereuche**

Ihe kwụrụ, ihe akwụdebe ya. E nwere ndị ode edemede ekereuche nwekwaa ndị na-abụghị ndị ode edemede ekereuche. Ajụjụ dị mkpa bụ, kedụ onye na-abụghị ode edemede ekereuche? Onye na-abụghị ode edemede ekereuche bụ onye ahụ, nke edemede ya na-esiteghi n'echiche ọnatara chi, nke ederede ya na-esiteghi na nchepụta echiche, nke a na-ahazighi edemede ya n'ụdị na-akpalite mmụọ ọgụụ. Onye a nwere ike nwee ma ọ bụ ghara inwe aka nka edemede ekereuche, atụmatụ okwu, anya na ntị dị nkọ, anya ruru ala, nka n'iwu nsụpe asụsụ Igbo, nhazi edemede ekereuche n'ụdịdị ya na enwemenwe ihe ndị ọzọ edemede ekereuche nabatara.

Isi sekpụ ntị na nka onye ode edemede ekereuche bụ: echiche ọnatara chi na nka ichemi echiche echemi, tinyekwara nka nhazi. Onye ọ bụla na-enweghi nka na ọnatara chi ndị a e depụtara n'elu, n'agbanyeghị na o nwere ike ịdị na-ede edemede ma ọ bụ na-edegharị edemede ekereuche ndị ọzọ dere, abụghị ode edemede ekereuche.

**NNWALE ONWE II**

- Kedụ ihe e ji ama onye abụghị ode edemede ekereuche?

**Aka nka ode edemede ekereuche**

Ka ihu anyị siri dị iche iche, etu a ka echiche obi anyị siri dị iche iche. Ọ bụ ya mere ndị odee jiri nwee aka nka dị iche iche. Aka nka bụ ụdịdị ma ọ bụ usoro odee ji ede edemede ekereuche ya. Odee na-eji aka nka ya na-achịkọta isi okwu n'edemede ekereuche ya. Ọ na-edebekwa ntọala ebe ihe ọ na-akọ maka ya nọrọ mee. Odee na-ele anya n'olu asụsụ o ji ede edemede ekereuche ya ma bịazie tinyere ya aka nka ya n'edemede ya. A ga-akọwapụta aka nka ngalaba ahụ n'okpuru. Aka nka ahụ bụ aka nka izugbe, aka nka ode edemede ekereuche na ngalaba agụmagụ dị iche iche. Odee ahụ na-ahazi ma na-achọkwa edemede ya mma site na ndịna aka nka ndị a: ọdịdị, ndokọ akọmakọ, agwa, na asụsụ (nke a metụtara iduuazị); a bịa n'abụ, e nwere ndịna aka nka ndị a: ọdịdị ndokọ na asụsụ; a bịa n'ejije, e nwere ndịna aka nka ndị a: ọdịdị, nsireme ejije, ndokọ, agwa na asụsụ.

Na nke nke, na ngalaba abụ, ọ bụ ndokọ abụ ga-ewepụta echiche na mkpatụta kwesirinu. Ọ na-esite n'agwa na asụsụ mee ka edemede ekereuche ahụ dịwanye ka ihe mere eme ma metụkwa mmadụ na mmụọ.

N'iduuazi, aka nka odee na-apụta ihe na ndokọ akọmakọ. Na nke a, odee na-edokọ akọmakọ, ya bụ, nhazi akụkọ ya. Nke a na-eme ka iduuazị nwee usoro site na mbido wee ruo na ngwụsị; emereme niile dị na ya ga na-eso onwe ha. N'agwa, ode iduuazi ga-eji ekereuche ya chepụta agwa ndị ga-eso n'emereme. Nke a gosiri na àgwà na emereme na-agakọrịta. Ọzọ bụ asụsụ, nke a metụtara etu odee si ewere usoro ụtọasụsụ na nsireme na usoro nsireme gosipụta uche ya gbasara ndịna, ndokọ akọmakọ na agwa ka ha wee gosi aka nka n'iduuazi ahụ.

A bịa n'ejije, na nke nke, aka nka odee na-apụta ihe n'ụdịrị nsireme (nkwago) ejije nke ekereuche ya nabatara. Dị ka o si metụta ndokọ, ode ejije na-ewere nka ekereuche ya dokọ emereme niile dị n'ejije n'ụzọ dị mma site na mmalite ruo na njedebe. Ejije ọ bụla na-ewepụta umezi, egwu, mwute na aṅụrị sitere n'etu odee siri were ekereuche ya wepụta agwa ya n'emereme ejije ahụ. Maka nke a, odee ga-enwe nka n'ịhọpụta àgwà ya. Na mmechi, asụsụ bụ ụzọ e si ama uche onye; maka

nke a, ode edemede ekereuche ejije ga-ewere aka nka asụsụ ya tinye n'ọnụ agwa niile so n'emume ejije ahụ.

Na nchịkọta, ọ bụ aka nka ndị a, a rụtụrụ aka na nke nke, ka ode edemede ekereuche ji ede ma na-achọ edemede ya mma.

**NNWALE ONWE III**

- Kedụ ndịmiche dị n'etiti aka nka odee n'edemede ekereuche dị ka o si metụta abụ, iduuazị na ejije?

## 4.0 MMECHI

Ihe ọ bụla nwere mmalite ga-enweriri mmechi, ọ bụ ya mere e ji ewete agba nkuzi a na mmechi. Tupu e mechie, ọ dị mkpa ka e metụ aka n'ọkpụrụkpụ okwu ndị bụ isi okwu: Ode edemede ekereuche dị iche n'onye na-abụghị odee ekereuche. Ihe mere ha ji dị iche bụ aka nka na nhazi edemede ya. Ọ bụ maka nke a ka e ji agwa ụmụ akwụkwọ ka ha gụọ ihe ndị a e depụtara maka mmụta aka nka.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Edemede ekereuche ọ bụla kwesiri ịbụ nke ode edemede ekereuche dere. Ọ bụ maka ịbụ ezi ode edemede ekereuche ka isi okwu a gbadoro ụkwụ. Na nchịkọta, ode edemede ekereuche bụ onye ahụ nwere anya iru ala, ntị ịdị nkọ, echiche ekereuche, aka nka edemede na usoro nhazi edemede pụrụ iche, ma bụrụkwa onye na-eji anya ime obi arọ edemede ma depụta ya n'ụdị abụ, ejije ma ọ bụ iduuazị. Onye ọ bụla na-enweghi ihe ndị a bụ onye na-abụghị onye ode edemede ekereuche. Aka nka ode edemede ahụ ga-adịwagara onwe ya iche n'aka nka ndị ode edemede ndị ọzọ.

**IHE OMUME**

i. Depụta uru ise aka nka bara n'edemede ekereuche.

ii. Deputa ihe dị iche ise n'etiti ode edemede ekereuche na ode edemede nkịtị

## 6.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI


Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ  Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension (mkpanaka)

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985)*Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers

## YUNIT 3: NJIRIMARA EDEMEDE EKEREUCHE

## NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọm kwẹm
  3.1 Njirimara edemede ekereuche na edemede nkịtị
  3.2 Uru edemede ekereuche bara
  3.3 Ebumnobi onye ọka edemede ekereuche
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Nrụtụaka/Ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Agba nkuzi a ga-eleba anya na njirimara edemede ekereuche na ederede nkịtị. Ọ ga-elebakwa anya n'ihe mere ndị mmadụ ji agbaso edemede ekereuche ya na echiche ndị odee gbasara ndị ọgụụ edemede ekereuche.

## 2.0 MBUNUCHE

A tụrụ anya na nwata akwụkwọ sonyere nkuzi a bido n'isi ruo na njedebe ga-enwe ike:

- depụta njirimara edemede
- kọwaa uru edemede ekereuche bara
- mata ebumnobi odee n'ebe ndị ọgụụ nọ.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Njirimara edemede ekereuche na edemede nkịtị

Nke mbụ bụ na edemede ekereuche ọ bụla ga-adịrịrị n'ụdị akụkọ, ejije ma ọ bụ abụ. A ga-akọwasị njirimara edemede ekereuche na ngalaba agụmagụ atọ ndị a:

3.1.1 Njirimara edemede ekereuche: Akụkọ

- A na-edejupụta akụkọ n’akwụkwọ.
- A na-ede ya n'isi n'isi.
- A na-edepụta isi nke ọ bụla na nkebi edemede
- Oge ụfọdụ, a na-enwe okwu mmalite na mmechi
- Odee na-agbaso iwu ụtọasụsụ
- A na-ede ya n’ọgbanịgha n'ihi na ọ bụ akụkọ.

3.1.2 Njirimara edemede ekereuche: Ejije

- A na-ede ejije n'emume na emume, ya na n'ihe nkiri na ihe nkiri.
- A na-edepụta aha agwa ọ bụla ma site n’ọnụ ha kwupute ihe ha na-eme.
- Ọtụtụ mgbe, ọ na-enwe okwu mbido na okwu mmechi.
- A na-ezipụta ihe emume ejije na nkwago.

3.1.3 Njirimara edemede ekereuche: Abụ

- Odee na-ezipụta ya na nkebi abụ na nkebi abụ.
- Ọ naghị enwekarị okwu mmalite ma ọ bụ mmechi.
- Ụfọdụ oge, odee na-ede ya ka o nwee ndanusoro ma ọ bụ ndakọrịta.
- A na-enwekarị ụda ndakọrịta site na kwunkwukwa.
- A na-eji mkpụrụ abịchịị ukwu amalite ahịrị ya ọ bụla

Ka a rụtụchara aka na njirimara edemede ekereuche dị ka o si metụta agụmagụ atọ e nwere, ọ dịkwa mkpa na a ga-arụtụ aka na njirimara edemede ekereuche n’izugbe.

N’izugbe, njirimara edemede ekereuche gụnyere: asụsụ, ekereuche, mmereme ma ọ bụ oge e wepụtara agụmagụ, ụdịdị, mgbacha na mgbatị

A ga-akọwa njirimara ndị a na nke nke.

a) Asụsụ: Asụsụ dị n’abụ agaghị abụ asụsụ nkịtị ma ọ bụ asụsụ na-ewu ewu dị ka asụsụ mkparịta ụka. Kama, ọ ga-abụ asụsụ nka, dị elu, na-ebu onye ọ bụla na-agụ ya isi ma mee ka echiche na umezi ya koro n’elu.

b) Edemede ekereuche: Edemede ekereuche agaghị abụ akọkọ ndụ ma ọ bụ akụkọ ala kpọm kwẹm. Kama ọ ga-agbado ụkwụ n'ekereuche, ya bụ, nchepụta, ghara iji ihe mere eme mere ntọala akụkọ, kama megharịa ya ka ọ dabaa ka ọrụ ekereuche

c) Oge e wepụtara agụmagụ: Edemede ekereuche ga-adaba na nsirihụ ga-abụrịrị nwa tote o tokwute. Ọ gaghị abụ ihe so oge eje. Nke a pụtara na ọ ga-enwe isi okwu ya ga na-abara ndị mmadụ uru mgbe dum, nke ga-eme ka ndị mmadụ nwee mmasị na ya ọkpụ tọọrọ ọkpụ.

d) Nkenụdị: Edemede ekereuche ọ bụla ga-adabarịrị n'otu n'ime nkenụdị atọ ndị a: Ọ bụrụ agụmagụ ọdịnala ma ọ bụ agụmagụ ọnụ, ọ ga-adịrịrị n’ụdị akụkọ ifo, abụ ọdinala, na ejije ọdinala. Ọ bụrụ agụmagụ ugbu a, ọ ga-adịrịrị n’ụdị iduuazi, abụ ugbu a na ejije ugbu a. Edemede ọ bụla na-adabaghị na nkenụdị ndị a abụghị agụmagụ.

e) Mgbacha na mgbatị: Mgbacha bụ mgbe ode edemede ekereuche hapụrụ akụkọ isi okwu ọ na-akọ kọọ akụkọ yitụrụ akụkọ isi okwu ahụ. Nke a nwere ike ịbụ n’ụzọ mkpa ọchị, nkuzi ma ọ bụ ịkwa arịrị; nke a bụ iji kwado isi okwu a na-akọ maka ya. N’aka nke ọzọ, mgbatị bụ ụzọ e si eji akụkọ ma ọ bụ njakịrị eme ka akụkọ towanyekwuo ogologo. Ọ bụ ụmụ akụkọ mgbacha ka e ji agbatị akụkọ edemede ekereuche ka o ju eju, too ogologo ma tọọ ụtọ.

**NNWALE ONWE I**

- Kọwaa njirimara edemede ekereuche n’uju.
- Site n’ịgbado ụkwụ n'otu edemede, kọwaa njirimara edemede ekereuche.

### 3.2 Uru edemede ekereuche

Edemede ekereuche na-eme ka e kete oke n'echiche amamihe odee.

Edemede ekereuche na-enye ndị ode edemede ekereuche ọrụ edemede agụmagụ dị iche iche.

Edemede na-akụziri ndị ọgụụ iwu ide asụsụ Igbo, ma mezie ka ha mụta nka n'aka nka odee.

Edemede na-enyere aka n'ichemi echiche echemi, tụmadị mgbe a na-agụ ihe a ga-aza aza. Mgbe ahụ, a ga-echemi echiche tupu e nye ezigbo ụsa.

Edemede ntụ amamihe tụmadị n'oge ule.

E ji edemede edekọ ihe a na-achọghị ka e chefuo.

E ji edemede ekereuche asọrịta mpi n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche.

Edemede ekereuche na-akụzi ihe gbasara ụwa, ihe egwu, ize ndụ na etu a pụrụ isi gbalarị nsogbu.

Edemede ekereuche na-enye aka ka ọgụụ na-agụ akwụkwọ, nke ọ na-ahụghị ma ọ bụ mara onye dere ya.

Edemede ekereuche na-eme ka a hụ ihe omimi dị n'agụmagụ.

Edemede ekereuche na-enye aka ikwupute ma depụta ihe dị anyị n'uche na ọnọdụ a nọ na ya.

Edemede ekereuche na-enye aka n'ịmata agụmagụ ndị ọzọ.

Edemede ekereuche na-eme ka a hụ ọrụ aka Chineke ma mekwaa ka a jaa ya mma.

Edemede bụ otu n'ihe omume dị mkpa n'asụsụ Igbo.

### NNWALE ONWE II

- Depụta uru edemede ekereuche bara

### 3.3 Mbunuche ọka edemede ekereuche

Awọ anaghị agba ọsọ ehihie na nkịtị. Ọ bụ maka nke a ka odee ma ọ bụ ọka edemede ji nwee ihe ndị ọ chere n'echiche ya n'ụdị ihe ọ tụrụ anya n'edemede ekereuche ya. Ihe ndị ahụ ọ tụrụ anya n'edemede ya ka a kpọrọ ebumnobi ode edemede ekereuche.

Ebumnobi ndị a gụnyere:

Ode edemede ekereuche na-ebu n'obi ime ka ndị ọzọ kete oke n'echiche ya.

Ode edemede ekereuche na-ebu n'obi isite n'ụzọ dị otu a mee ka a na-anụ aha ya.

Ọtụtụ ndị ode edemede ekereuche na-ebu n'obi ka ha dee edemede ekereuche nwete ego

Ọtụtụ ndị odee na-ebu ọgụụ n'obi. Nke a ga-eme ka e nwee afọ ojuju ma ha na-eche echiche ndị ga-agụ akwụkwọ ha. N'ihi nke a, ha na-ewere asụsụ dị ezigbo mma dee ya.

Ọtụtụ ndị ode edemede ekereuche na-ede n'ịma aka. Ha na-ede ka ha dekarịa ndị ọzọ.

Ọtụtụ ndị odee na-ede n'ihi na ndị ọzọ na-ede.

Ụfọdụ ode edemede ekereuche bụ naanị ka ha zipụta echiche ha n'edemede ka ha ji ede edemede.

**NNWALE ONWE III**

- Depụta ihe ise i chere bụ ebumnobi ode edemede ekereuche, ebumnobi ndị ahụ ga-adịkwa iche na ndị dị n'elu.

**Aka nka odee**

Mkpa akwụkwọ na-aga ije mana ọ bụ ikuku na-enyere ya aka. Dị ka e si kọwaa aka nka, ọ bụ ọnatara chi ma ọ bụ uri nke odee ji achọ edemede ya mma ma mekwaa ka ọ tọọ ụtọ. Aka nka odee bụ ikuku na-enyere edemede bụ mkpa akwụkwọ aka ka ọ gaa ije.

Akwụkwọ nkuzi a webatara aka nka ya na nhazi, ahịrị okwu na asụsụ o jiri dee akwụkwọ nkuzi a.

**Asụsụ na atụmatụ okwu odee**

Okwu dị nka; atụmatụ okwu dị omimi. Ya bụ na nka omimi edemede ekereuche na-apụta ihe mgbe odee ji atụmatụ okwu dị iche iche chọọ edemede ekereuche ya mma.

## 4.0 MMECHI

Njirimara edemede ekereuche na edemede nkịtị, uru edemede bara na ebumnobi ode ka a kụziri n'isi ọmụmụ nke a. Ha na-enye aka n'ịchọpụta ihe dị iche n'edemede ekereuche na edemede nkịtị.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchịkọta**,** edemede ekereuche dị iche na ederede nkịtị. Njirimara edemede ekereuche bụ na ọ ga-adịrịrị n'ụdị abụ, ejije ma ọ bụ n'iduuazị.

**IHE OMUME**

- Depụta ndịmiche ise dị n'etiti edemede ekereuche agụmagụ na edemede ekereuche ndekọ (kọmpozishọn).

## 6.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ  Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension (mkpanaka)

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985)*Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers

## YUNIT 4: ỤDỊ EDEMEDE EKEREUCHE

### NDỊNA

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

  3.1 Ụdị edemede ekereuche

  3.2 Iwu na-achịkwa edemede ekereuche

  3.3 Onye edemede ekereuche na ndị ọgụụ

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụtụaka/Ngụmi

### 1.0 MKPỌLITE

Agba nkuzi a na-akpọlite ụdịdị edemede ekereuche, iwu na-achịkwa edemede ekereuche, ode edemede ekereuche na ndị ọgụụ. Maka nke a, kaba ahụ ka i sonye.

### 2.0 MBUNUCHE

A tụrụ anya na onye ọ bụla sonyere nkuzi a ruo n'isi ga-enwe ike:

- depụta ma kọwaa ụdịdị edemede ekereuche.
- depụta iwu na-achịkwa edemede ekereuche.
- kọwaa mmekọrịta dị n'etiti ndị odee na ọgụụ.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Ụdị edemede ekereuche

Ihe e chepụtara n’echiche ma hazie ya nke ọma dị ka ọrụ nka nwere ike ịkwụrụ ka edemede ekereuche. O nwekwara ike ịbụ ihe ndị ahụ odee hụrụ n'anya ma ọ bụ nụ na ntị. Ọ bụ n’ihi nke a ka e jiri nwee ụdịdị edemede ekereuche abụọ pụtara ihe. Ha bụ

1. Edemede ekereuche  a rọrọ arọ
2. Edemede ekereuche a rọgharịrị arọgharị

Edemede ekereuche a rọrọ arọ bụ akụkọ ahụ ode edemede ekereuche chepụtara, depụta n’agbadoghị ụkwụ n’akụkọ dịbu adị ma ọ bụ ihe meburu eme. Mgbe ụfọdụ, echiche ahụ e chepụtara echepụta nwere ike iyi akụkọ meburula eme mana enyochaa ha, ya na akụkọ ahụ anaghị abụ otu. Njirimara edemede ekereuche bụ na ọ na-adị ọhụrụ. Ọmụma atụ edemede ekereuche a rọrọ arọ gụnyere:

- *Isi akwụ Dara n'Ala* nke T.U. Ubesie
- *Uru Nwa* nke J.C. Madụekwe,
- *Ofunna* nke C. Ofomata dgz.

Ndị bụ akụkọ ode ji echiche ha wee rọọ. N’ide ụdị edemede ekereuche a, odee na-enwekarị mkpalite site n’ihe ọ hụrụ, ihe ọ nụrụ na ihe ọ gabigarala n’ụzọ na n’ebe dị iche iche na ndụ ya. Ihe ndị a na-enye aka ịkpụ onyinyo nke a na-edepụta dị ka ọrụ nka.

N’aka nke ọzọ, edemede ekereuche nke a rọgharịrị arọgharị bụ akụkọ ndị ahụ nke odee gbadoro ụkwụ n’akụkọ dịbu adị ma ọ bụ n'ihe meburu eme dee edemede ekereuche ya. N'ihi nke a, akụkọ ndị a adịchaghị ọhụrụ. Akụkọ banyere ekereuche nke a bụ ihe ụfọdụ ndị odee na-eme n’akụkọ dịbu adị. Ọmụma atụ edemede ekereuche a rọgharịrị arọgharị. Ọmụma atụ

- *Mmadụ ka a na-arịa* nke C.O. Okeke
- *Nwata rie awọ* nke G. Onyekaọnwụ

Iduuazị Okeke kọgharịrị *Animal Farm* nke George Orwell ebe nke Onyekaọnwụ kọgharịrị *Mayor of Casterbridge* nke Charles Dickens.

**Njirimara akụkọ a rọgharịrị arọgharị**

- Odee na-agbanwe aha mmadụ dị n'akụkọ ahụ ya na ebe ihe mere.
- Ọ na-agbanwe usoro e si kọọ akụkọ ahụ na mbụ.
- Ọ na-agbanwe ihe ụfọdụ mere n'akwụkwọ ahụ.

**NNWALE ONWE I**

- Depụta njirimara ise edemede ekereuche nke a rọrọ arọ.

**3.2 Iwu na-achịkwa edemede ekereuche**

Ihe ọ bụla na-enweghi iwu ma ọ bụ usoro ọ na-agbaso na-agba rịgo rịgọ. N'ihi nke a, e nwere iwu ma ọ bụ usoro na-achịkwa edemede ekereuche. Iwu ndị a na-achịkwa edemede ekereuche gụnyere:

- Iwu ọdịdị ngalaba agụmagụ ahụ dabara na ya.
- Iwu usoro nhazi edemede ekereuche.
- lwu ụtọ asụsụ

A kọwara ndị a na nke nke n'okpuru ebe a.

a) **Iwu ọdịdị ngalaba agụmagu ahụ dabara na ya**

Nke mbụ bụ nkọwa ihe bụ ọdịdị; ọdịdị bụ isi ihe dị n'edemede ekereuche, nke odee ji zipụta echiche ya. Ọdịdị agụmagụ dị iche iche site n'otu ngalaba ruo na ngalaba agụmagụ ọzọ. A bịa na agụmagụ iduuazị, ọdịdị ya gụnyere: ndokọ, akọmakọ, agwa, na asụsụ. A bịa n'ejije, ọdịdị ya gụnyere nsireme, ndokọ, agwa na asụsụ. A bịa n'abụ, ọdịdị ya gụnyere ndịna. Ọ bụ ihe ndị a mebere iwu dị iche iche na-achịkwa ngalaba agụmagụ. Ọmụma atụ: Abụ anaghị agbasokarị ụtọasụsụ, nke a maka ndanusoro ọ na-achọkarị; ọzọ bụ na ọ na-akpị okwu akpị.

- **Iwu usoro nhazi edemede ekereuche**: Aristotle n'akwụkwọ ya ọ kpọrọ *Poetics* kọwara na edemede agụmagụ ọ bụla ga-enwe usoro mmalite, etiti na njedebe. Iwu nke a dịkarịrị mkpa n'ejije na iduuazị; usoro a bụ gbasara nhazi ndokọ. Mana nke a apụtaghị na abụ anaghị enwe mmalite, etiti na njedebe. N'otu aka ahụ, nhazi, asụsụ, oge, ebe, agwa wdg, pụtakwara ihe na ndịna isi okwu a.
- **Iwu nsụpe**: Nke a bụ iwu na-egosi ezi ọnọdụ na ezi nsorịta mkpụrụ ụda n'ọdịdị mkpụrụ okwu dị n'asụsụ. Ezi nsụpe na-eme ka mkpụrụ okwu nwee ezi mkpọkọ na nghọta dị ka ntọ asụsụ ahụ sị chọọ. Iwu ndị ahụ gụnyere:

Iwu nsụpe maka ebe dị iche iche

Odide 'na' n'asụsụ Igbo

Odide 'ga' n'asụsụ Igbo

Odide 'ka' n'asụsụ Igbo

Odide 'kwa' n'asụsụ Igbo

Okwu ndị a na-edekọta ọnụ

Okwu ndị a na-edesa edesa

Iji Igbo izugbe na-ede asụsụ Igbo.

**Nnwale onwe II**

- Kedu uru iwu a na-agbaso n'edemede ekereuche bara?

### 3.3 Odee na ọgụụ edemede ekereuche

Ode edemede ekereuche nwere ndị o bu n'uche na-ede akụkọ ya. Nke a mere odee ji agba mbọ n'ụzọ ọ bụla iji mejupụta ebumnuche ya gbasara ndị ọgụụ n'ihe ọ na-ede. Nke a ka ọ na-eme site n'ịhọta asụsụ dabara adaba ọ ga-eji dee ya. Ọzọ, ọ na-emekwa nke a site n'iwebata aka nka dị iche iche iji ime ka edemede ahụ kaa aka ma chawapụ. Ndị ọ na-edere edemede ekereuche na-eme ka akụkọ ọ na-ede maa mma ma too ogologo.

Ode edemede ekereuche na-eji maka ndị ọgụụ lerukwa anya n'ụdịrị agwa ọ na-etinye n'edemede ya.

Onye ode edemede ekereuche na-eji maka ndị ọgụụ lebakwa anya na ntọ ebe na nke oge.

Ndị ode edemede ekereuche na-agba mbọ ịhụ na edemede ha bụ ejechaa ọgwụ ma ọ bụ nke ọha na eze ga-anabata nke ọma.

Ode edemede ekereuche anaghị enwe mkpebi otu edemede ya ga-esi dị; kama, ọ bụ ndị ọgụụ ga-eme mkpebi a. Maka nke a, ndị ọgụụ na-agwa ndị odee ka edemede ha dị, ya na etu ha si deta edemede ekereuche ha.

**Ọrụ ndị ọgụụ**

Maka na ọ bụ ndị ọgụụ ka ndị odee na-edere, ndị ọgụụ nwekwara ọrụ. Ọrụ ndị ọgụụ gụnyere:

ịkọwapụta n'uju ihe a amabughi dị n'akwụkwọ edemede ekereuche e derela.

izipụta nka mma dị n'edemede ekereuche odee.

izipụta ihe na-adịghị mma dị n'edemede odee.

ikpebi ogo adịmmma akwụkwọ ahụ dị na ya.

ikpebi ndị kwesịrị ịgụ akwụkwọ ahụ.

**NNWALE ONWE III**

Ọ bụrụ na ndị ọgụụ ekpebie na edemede ekereuche odee etosighị etosi, gịnị ga-abụzị ọnọdụ edemede ekereuche ahụ.

## 4.0 MMECHI

A hụrụ na edemede ekereuche dị n'ụdị dị iche iche, n'ụdị edemede a rọrọ arọ na edemede a rọgharịrị arọgharị. A hụkwara, n'otu aka ahụ, na e nwere iwu na-achịkwa edemede ekereuche. Ọzọ kwa, odee nwere ndị ọ bu n'obi na-ede edemede ekereuche ya; ihe ahụ o bu n'obi, dị n'etiti odee na ọgụụ, ka a na-akpọ mmekọrịta odee na ọgụụ edemede ekereuche.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Edemede ekereuche nwere ụdịdị abụọ pụtara ihe. Ụdị edemede ekereuche ndị a bụ edemede ekereuche a rọrọ arọ na edemede ekereuche a rọgharịrị arọgharị. Ụdị ndị ọzọ pụtara ìhè gbadoro ụkwụ n'abụọ ndị a.

N'edemede ekereuche a rọrọ arọ, odee na-esite n'echiche ya chepụta ihe dum bụ ihe na-emebeghi ma ọ bụ ihe na-adịbeghị; ọ na-ewere ha depụta edemede ekereuche ya. N'aka nke ọzọ, edemede ekereuche a rọgharịrị arọgharị na-agbanwe aha mmadụ dịburi adị, aha usoro nhazi dịburi adị na ihe ụfọdụ dị n'edemede ekereuche e derela ede.

N'edemede ya, odee na-agbaso iwu edemede ekereuche, iwu ndị ahụ gụnyere: iwu ụdịdị ngalaba edemede ekereuche dabanyere na ya; iwu usoro nhazi edemede; na iwu ntọ asụsụ.

Yunit a kọwakwara ode edemede ekereuche na ndị ọgụụ ma mekwaa ka a mara na ọ bụ ndị ọgụụ ka ọ dịịrị ime mkpebi gbasara ogo adịm mma na njọ edemede ekereuche o bụla e dere.

**IHE OMUME**

- Kọwaa mmekọrịta dị n'etiti ode edemede ekereuche na ọgụụ.

## 6.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI


Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension. (mkpanaka)

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985)*Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers

# MODUL 4: AGHỌTAAZAA

Yunit 1: Nkọwa aghọtaazaa

Yunit 2: Ụdị aghọtaazaa

Yunit 3: Ntụlekọrịta ụdịdị aghọtaazaa na edemede ekereuche

Yunit 4: Nnwale aka nka n'aghọtaazaa dị iche iche

## YUNIT 1: NKỌWA AGHỌTAAZAA

NDỊNA

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọm kwẹm
    3.1 Nkọwa aghọtaazaa
    3.2 Mbunuche ọgụụ mgbe ọ na-agụ aghọtaazaa
    3.3 Nka aghọtaazaa
    4.3 Uru aghọtaazaa
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Nrụtụaka/ ngụmi

## 1.0 MKPỌLITE

Nkeji ihe ọmụmụ a ga-akpọlite aghọtaaaaa. N'ebe a, a ga-akọwa aghọtaazaa, uru ọ bara na nhazi ya. A tụrụ anya na ị kwesiri ịma ka e si agụ ma na-aghọta ihe e dere n'Igbo. N'ihi nke a, e lebara anya n'ihe ndị ga-enyere nwata akwụkwọ aka ime nke a.

## 2.0 MBUNUCHE

A tụrụ anya na onye ọ bụla sonyere na nkuzi a ga-enwe ike

i. kọwaa aghọtaazaa kpọm kwẹm
ii. depụta usoro a na-agbaso agụ aghọtaazaa ma zaa ya

iii. depụta nka a na-anwale n'aghọtaazaa.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Nkọwa aghọtaazaa

Gịnị bụ aghọtaazaa? Aghọtaazaa bụ ederede e depụtara nke ọ ga-abụ a gụchaa, a ghọta ya ma zaa ajụjụ so ya. E nwere ike ịsị na aghọtaazaa bụ ederede, nke si n'echiche odee pụta, e dee ya n'ụdị nke bụ na ọgụụ gụchaa ya, ọ zaa ajụjụ so ya. Ọ bụ maka nke a ka Ngoesi (2004) jiri kọwa na aghọtaazaa gbasatara ịgụ na ịghọta ederede, na izipụta nghọta ahụ site n'inwe ike ịza ajụjụ sitere n'ederede ahụ.

O kwesikwara ka a rụtụ aka na iji meta aghọtaazaa nke ọma, ọ dị mkpa ịgụta ederede e nyere, ghọta mkpụrụ okwu, usoro okwu, atụmatụ okwu na echiche dịgasị n'ederede ahụ. Ọ dịkwa mkpa na a ga-aghọta ọrụ mkpụrụ okwu dị n'ederede ahụ na-arụ, ghọtakwa otu ndokọ na usoro okwu dị iche iche dị n'ederede ahụ. Akwụkwọ agụmagụ Igbo dị iche iche ga-enyere onye na-eme Igbo aka ịdị na-agụ ma na-aghọtakwa ederede Igbo dị iche iche ọsọ ọsọ.

Ọgụụ na-agụ aghọtaazaa ọ bụla nwere ihe o bu n'obi na-agụ ya. Ihe ndị ahụ gụnyere:

- Ọgụụ na-ebu n'obi ịgba mbọ ịgụ ma ghọta isi okwu edemede tupu ọ malite zaba ajụjụ.
- Ọ na-agba mbọ hụ na ọ ghọtara atụmatụ okwu dị iche iche ma hụba ha ama dị ka o si metụta isi okwu odee dere.

**NNWALE ONWE I**

- Nye nkọwa aghọtaazaa na nghọta nke gị.
- Depụta ihe ọgụụ aghọtaazaa na-ebu n'uche.

### 3.2 Nka aghọtaazaa

Nka aghọtaazaa bụ ọnatara chi ma ọ bụ mmụta mmadụ nwere, nke na-enyere ya aka ịgụ ederede na ịza ajụjụ so ya ọfụma. Ha gụnyere:

- Nka nghọta mkpụrụ okwu

- Nka ezi ngụpụta
- Nka ịma ọtụtụ okwu
- Nka nghọta ide ahịrị okwu na ndagba ha
- Nka ichemi echiche na mkpọlite mmụta mmadụ nweburu
- Ogige ntị na ụbụrụ na-aghọ nkọ.

**Nka nghọta mkpụrụ okwu** bụ ịma ụda mkpụrụ okwu e ji depụta aghọtaazaa. Nka a dịkwa na nka ọmụma mkpụrụ okwu. Ọgụụ ga-enweta nka a site n'ọmụmụ mkpụrụ okwu. Ọgụụ kwesiri inwe nka ọgụgụ na ọzịza aghọtaazaa.

**Nka ezi ngụpụta** bụ ịma ihe okwu bụ na etu e si akpọpụta ya, ya na ezi gụpụta ụmụ okwu ahụ. Ọgụụ kwesiri inwe nka a ka o nwe ike ọgụ ma zaa ajụjụ ọfụma.

**Nka ịma ọtụtụ mkpụrụ okwu** dịkwa mkpa nke ukwuu, maka na ọgụụ ọ bụla ga-ebu ụzọ mata mkpụrụ okwu niile e jiri dee aghọtaazaa.

**Nka nghọta odide ahịrị okwu na ndagba ha:** Nke a bụ nka na-ahụ maka usoro ndokọ ahịrị okwu; ya mere na ọgụ aghọtaazaa kwesịrị inwe nka a ka ọ ghọta echiche ndị ahụ mebere ahịrị okwu ahụ; nke a bụ maka nrapa ma ọ bụ ndagba ahịrị okwu aghọtaazaa ahụ na echiche ya.

**Nka ichemi echiche na mkpọlite mmụta mmadụ nweburu** dị mkpa nke ukwuu maka na ọtụtụ ndị ọgụụ na-adabere na mmụta ha nweburu oge ha na-agụ aghọtaazaa. Ha na-agụ ka ha nwee nghọta zuru oke. Nke a na-enyekwa aka n'ịza ajụjụ so ya.

**Ogige ntị na ụbụrụ na-aghọ nkọ** dị oke mkpa n'aghọtaazaa. Nke a bụ ezi okwu maka na mgbe ndị ọgụụ na-agụ, ige ntị na-enyere ha aka ịtapị ozi ha na-agụta. Mgbe ahụ ka ụbụrụ ahụ na-aghọ nkọ ga-ewere ya bụ ozi na mpụtara ya mebe mmụta sitere n'ihe ha na-agu.

**NNWALE ONWE III**

- N'ime nka ndị a e depụtara n'elu, ụfọdụ n'ime ha bụ nka maka ọgụgụ aghọtaazaa, ebe ndị ọzọ bụ nka maka nghọta aghọtaazaa. Depụta nka ndị ahụ bụ maka ọgụgụ na nka bụ maka nghọta.

## 3.3 Uru aghọtaazaa

Awọ anaghị agba ọsọ ehihe na nkịtị. Ya mere ihe ọ bụla a na-eme jiri nwe mkpatara ya. Ihe ndị ahụ kpatara e ji agụ aghọtaazaa ka a kpọrọ uru aghọtaazaa bara. Uru ndị ahụ gụnyere:

a) Aghọtaazaa na-akwalite aṅụrị na ezi ọgụgụ ma na-enye aka n'ime ihe omume na-eso agụmakwụkwọ, ihe omume na-eso aka ọrụ nakwa ụzọ ndụ onye ọgụụ.
b) Ọ na-enye onye ọgụụ nka aghọtaazaa mara mma pụrụ iche.
c) Aghọtaazaa na-akwalite nka ọgụgụ ihe.
d) A na-eji aghọtaazaa akụzi ma na-amụta ihe na ngalaba amụmamụ sayensị: ngalaba mgbakọ na mwepụ na ngalaba akụkọ ala.

A bịa na ngalaba sayensị, ụmụ akwụkwọ na-agụ ma na-amụkwa maka ọtụtụ isi okwu metụtara sayensị. Ezi ọgụgụ aghọtaazaa a ga-eme ka ha gụọ ma ghọtakwa emereme maka ụmụ anụmanụ, osisi, ụdịdị anwụ, usoro sayensị na ihe ndị ọzọ. Nke a gosiri na aghọtaazaa bara uru na ngalaba a.

Na nkọwa uru aghọtaazaa dị ka o si metụta amụmamụ mgbakọ na mwepụ, a na-enyekarị ụmụ akwụkwọ ihe omume nwere nsogbu mkpụrụ okwu, e wezuga nka aghọtaazaa, ụmụ akwụkwọ ga na-enwe nnukwu nhịaahụ na nghọta ihe e kwuru na ihe a jụrụ ha. Nke a bụ uru aghọtaazaa bara na ngalaba a.

Dị ka o si metụta ngalaba akụkọ ala, a na-akụziri ụmụ akwụkwọ gbasara ndị ndu na mmepụta sayensị n'amụmamụ niile nke ngalaba sayensị dị ka Abraham Lincoln, akwụkwọ iwu na agha mba Amerika. Maka nghọta amụmamụ ngalaba akụkọ ala, ha ga-aghotarịrị ihe a na-ekwu maka ya. Ọgụgụ aghọtaazaa ga-enyere ha aka ịgụ ma ịghọta ihe e dere. Nke a bụ uru aghọtaazaa bara na ngalaba amụmamụ a.

**NNWALE ONWE IV**

- Kọwaa uru aghọtaazaa bara dị ka o si metụta ngalaba ihe ọmụmụ atọ ọ bụla masịrị gị

## 4.0 MMECHI

A hụla na ihe a gba n'aka, e jighi ugegbe ele ya. Maka nke a, nkuzi a mere ka a ghọta isi okwu bụ aghọtaazaa, uru aghọtaazaa bara, nka aghọtaazaa na ebumnobi aghọtaazaa. Ọ dị mkpa ka ị gụọ ma ghọta ha ọfụma.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Na nchikọta, aghọtaazaa bụ ederede e depụtara, nke ọ ga-abụ a gụchaa, a ghọta ya ma zaa ajụjụ so ya. Nka aghọtaazaa gụnyere nghọta mkpụrụ okwu, ezi ngụpụta, ịma ọtụtụ okwu, nghọta odide ahịrị okwu na ndagba ha, ichemi echiche na mkpọlite mmụta mmadụ nweburu na egemntị na aghọmnkọ nke ụbụrụ. Aghọtaazaa na-akwalite aṅụrị na ezi ọgụgụ ma na-enye aka n'ime ihe omume na-eso agụmakwụkwọ, ihe omume na-eso aka ọrụ nakwa ụzọ ndụ, ọgụụ. Ọ na-enye ọgụụ nka aghọtaazaa mara mma pụrụ iche. Ọ na-akwalite nka ọgụgụ ihe. A na-eji aghọtaazaa akụzi ma na-amụta ihe na ngalaba amụmamụ sayensị, ngalaba mgbakọ na mwepụ na ngalaba akụkọ ala.

**IHE OMUME**

- Gịnị bụ aghọtaazaa na nghọta gị?
- Depụta ihe ndị ọzọ ọgụụ aghọtaazaa nwere ike ibu n'uche.
- Kọwaa nka dị mkpa n'ime aghọtaazaa
- Kọwaa uru aghọtaazaa bara dị ka o si metụta ngalaba ihe ọmụmụ atọ ọ bụla masịrị gị

## 6.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension. (mkpanaka)

www.mathgenie.com/blog/importance-of-reading-comprehension

www.theclassroom.com

www.understood.org

## YUNIT 2: ỤDỊDỊ AGHỌTAAZAA

## NDỊNA


1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwem

3.1 Ụdị aghọtaazaa

3.2 Ndịiche dị n'etiti ụdị aghọtaazaa

3.3 Usoro a na-agbaso agụ ma na-aza aghọtaazaa

3.4 Aka nka odee

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụtụaka/Ngụmi


### 1.0 MKPỌLITE

Agba nkuzi a na-akpọlite ụdịdị aghọtaazaa e nwere n'asụsụ Igbo. Ya bụ nkuzi ga-emetụkwa aka n'usoro a na-agbaso gụọ ma zaa aghọtaazaa, ya na ndịmiche dị n'etiti ụdịdị aghọtaazaa ahụ.

### 2.0 MBUNUCHE

A tụrụ anya na onye ọ bụla sonyeere na nkuzi a malite n'isi rue na njedebe ga-amata:

i. ụdịdị aghọtaazaa e nwere.

ii. ndịmiche dị n'etiti ụdịdị aghọtaazaa.

iii. ụzọ a na-agbaso ede aghọtaazaa.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Ụdị aghọtaazaa

Dị ka e siri kọwaa na mmalite, aghọtaazaa bụ ederede e depụtara ka ọ ga-abụ a gụchaa ya, a ghọta ma zaa ajụjụ so ya. O kwekwara ghọta na ndị ode aghọtaazaa nwere ike ịbụ ndị gụrụ sayensị na mahadum, ndị gụrụ maka akụkọ ala ma ọ bụ ihe ọzọ yiri ya na mahadum. Ọ bụ maka nke a ka ederede aghọtaazaa ji dị n'ụdị a:

- Aghọtaazaa nwere ike ịdị n'ụdị akụkọ.
- Aghọtaazaa nwekwara ike ịdị n'ụdị mbem.

A bịa na aghọtaazaa dị n'ụdị akụkọ, ọ na-adị n'ụdị akọmakọ n'isi okwu ọ na-akọ maka ya. Ụdịdị akụkọ a nwere ike ịbụ:

- Akụkọ ifo: Akụkọ ifo na-abụkarị akụkọ nkọkịrịkọ ma ọ bụ nkọmịrịkọ.
- Akụkọ ụwa: Akụkọ ụwa nwere ike ịbụ akụkọ ala ma ọ bụ akụkọ ugbu a na-eme n'okirikiri.
- Akụkọ metụtara sayẹnsị: Nke a nwere ike ịgbado ụkwụ na nka n'ụzụ, etu ndị nchọcha siri gaa n'ọnwa, etu ndị ọrụ akwa mmiri siri nọrọ n'ime mmiri mkpụrụ ụbọchị anọ ma ọ bụ ise, wdg.

**Ọmụma atụ**

Sayẹnsị ụgbọelu

Sayẹnsị iwu ụlọ

Sayẹnsị ihe gbasatara mmadụ, wdg.

A bịa n'aghọtaazaa dị n'ụdị mbem, o nwere ike ịdị n'ụdị:

i) Akụkọ na abụ: o nwere ike ịdị ka akụkọ Mike Ejeagha n'ụzọ ederede.
ii) Abụ: dị ka n'*Ụtara ntị*
iii) Ejije egwuregwu: o nwere ike ịdị ka ejije egwuregwu Awụrụ n'Ọmalinze

Ọmụma atụ aghọtaazaa n'ụdị ejije egwuregwu

Ejije mmụọ

Mmalite ụka

Egwuregwu bọọl, wdg.

**NNWALE ONWE I**

- Ọtụtụ ndị aghọtaghị ụdịdị aghọtaazaa; site na nghọta gị, kụziere ha site n'idepụta ndịmiche dị na nkenụdị aghọtaazaa ị mara.

Depụta myiri na ndịmiche dị n'etiti akụkọ na mbem?

### 3.2 Usoro a na-agbaso agụ ma ọ bụ aza aghọtaazaa

Ọgụụ aghọtaazaa ga-agbasoriri usoro ndị a dị n'ala maka ezi ọgụgụ na odide aghọtaazaa. Usoro ndị ahụ gụnyere:

- A ga-agụ aghọtaazaa ahụ nke mbụ n'egbughi oge ma gụọ ajụjụ niile so ya.
- A ga-atọ ntị ma saa anya na mmiri nke ọma gụọ aghọtaazaa ahụ nke ugboro abụọ ma kaa ihe ụfọdụ ihe n'okpuru.
- A ga-ewere echiche miri emi lebaa anya n'ajụjụ niile so aghọtaazaa ma bido zaa ajụjụ ndị ahụ na-egbughi oge ọ bụla.
- Tupu a zaa ajụjụ ndị a, a ga-achịgharị echiche n'ihe a gụrụ, ndị a kara ihe n'okpuru, ma chee echiche tupu a zaba ya. Nke a bụ ka a gbalarị ịzaba ajụjụ a na-aghọtaghị.

**NNWALE ONWE NKE II**

- Depụta usoro a na-agbaso eme aghọtaazaa.
- Gbaso usoro ndị a dị n'elu, gụọ ma zaa otu aghọtaazaa masịrị gị.

## 4.0 MMECHI

Nkuzi a emeela ka a gbaa n'anwụ ụdịdị aghọtaazaa e nwere, ndịmiche dị n'etiti aghọtaazaa e nwere na usoro a na-agbaso na-agụ ha. Ihe nkuzi ahụ dum bụ nke a kọwapụtara maka mmụta nye ụmụ akwụkwọ.

## 5.0 NCHỊKỌTA

A hụla na aghọtaazaa nwere ike ịdị n'ụdị akụkọ ma ọ bụ mbem; a hụkwara na ndịmiche a pụtara ihe site na njirimara akụkọ na mbem. A bịa n'aghọtaazaa ịdị n'ụdị akụkọ, o nwere ike ịdị n'ụdị akụkọ ifo, akụkọ ala ma ọ bụ akụkọ sayẹnsị; ebe aghọtaazaa na-adị n'ụdị abụ na mbem. Usoro dị iche iche ndị a na-agbaso na-agụ aghọtaazaa pụtakwara ihe maka ọgụgụ na nghọta ụmụ akwụkwọ.

**IHE OMUME**

- Depụta ma kọwaa ụdị aghọtaazaa e nwere n'Igbo.
- Kọwaa ndịmiche dị n'etiti ụdịdị aghọtaazaa.
- Kọwaa usoro a na-agbaso eme aghọtaazaa n'uju

## 6.0 NRỤTỤAKA/NGUMI

Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension. (mkpanaka)

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985)*Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers

# YUNIT 3: NTỤLEKỌRỊTA AGHỌTAAZAA NA EDEMEDE EKEREUCHE

## NDỊNA


1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọm kwem
  3.1 Ntụlekorịta aghọtaazaa dị na edemede ekereuche
  3.2 Usoro nchịkọta ederede
  3.3 Ụfọdụ atụmatụ okwu na-apụtakarị ihe n'aghọtaazaa na edemede ekereuche
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Nrụtụaka/Ngụmi


## 1.0 MKPỌLITE

Agba nkuzi a na-eleba anya n'ịtụlekọrịta aghọtaazaa na edemede ekereuche. Ọzọ, ọ na-akụzi usoro a na-agbaso na nghọta ederede tụmadị ka o si metụta atụmatụ okwu, nke apụtakarịsị ihe n'ederede aghọtaazaa na edemede ekereuche.

## 2.0 MBUNUCHE

A tụrụ anya na ụmụ akwụkwọ niile sonyere nkuzi a ruo na njedebe ga-amata myiri na ndịmiche dị n'etiti aghọtaazaa na edemede ekereuche. Ọzọ, a ga-amụtakwa usoro nchịkọta aghọtaazaa na edemede ekereuche. A ga-akọwa ebe ụfọdụ atụmatụ okwu na-apụtakarị n'aghọtaazaa na n'edemede ekereuche.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Ntụlekọrịta aghọtaazaa na edemede ekereuche

A na-echepụta edemede ekereuche na aghọtaazaa echepụta; n'agbanyeghi nke a, a ka enwere ọtụtụ myiri na ndịmiche dị n'etiti ha. Ihe ndị a gụnyere:

Aghọtaazaa bụ ndepụtara, nke ọ ga-abụ a gụchaa, a ghọta ma zaa ajụjụ so ya. N'aka nke ọzọ, edemede ekereuche bụ edemede odee chepụtara, nke na-adịbughị

adị, na-agbakwasị ụkwụ na ndụ ma ọ bụ ọnwụ n'ụwa a na-ahụ anya na nke iduu ma na-enwekwa nhazi zuru oke.

Edemede ekereuche na-enwe isi okwu na isi okwu ndabe; aghọtaazaa na-enwe isi okwu mana ha anaghị enwe isi okwu ndabe; ọ na-anabata ihe ọmụmụ dị iche iche.

Edemede ekereuche na-adị n'ụdị abụ, akụkọ ma ọ bụ ejije mana aghọtaazaa na-adị naanị n'ụdị akụkọ ma ọ bụ mbem.

Aghọtaazaa bụ nke e dere ka ọgụụ gụọ ma zaa azịza so ya ebe edemede ekereuche abụghị nke a ga-agụ ma zaa ajụjụ so ya n'azụ.

Edemede ekereuche na aghọtaazaa na-anabata ederede ha na nkeji na nkeji.

Aghọtaazaa nwere ike ịbụ ihe otu onye dere, onye ọzọ edepụta ya mana edemede ekereuche ga-esiteriri n'echiche odee.

**Nnwale onwe I**

- Nyochaa otu edemede ekereuche na otu aghọtaazaa; tụlekọrịta ha ma depụta n'otu ihu akwụkwọ ihe ị chọpụtara.

## 3.2 Usoro nchịkọta ederede na aghọtaazaa

Nchịkọta bụ otu ihe ọmụmụ dị mkpa. Ọ bụ ya mere e ji jiri nchịkọta na-achịkọta edemede ekereuche na aghọtaazaa. E nwere nka e ji achịkọta edemede ka nchịkọta ahụ dị mma. Nka ndị e ji achịkọta ederede gụnyere:

- A ga-agụ ederede ahụ ọsịịsọ na mbụ.
- A ga-agụ ahịrị okwu kọwara isi okwu, site n'ịgụ ahịrị okwu bụ ụzọ na nke kpe azụ n'ahịrị okwu ọ bụla.
- A ga-agụ ya ọzọ ka a tụpụtacha akpịrịkpị niile dị ya, ma ghọta ihe odee bu n'uche.
- A ga-eche aha ọzọ e nwere ike inye ederede ahụ ma ọ bụrụ na a gụọ ya ụdị aha ahụ.
- A ga-ahụba ama ụfọdụ isi okwu na isi okwu ndabe dị mkpa a gụtara.

- N'ịchịkọta isi okwu, a ga-agbado anya n'ahịrị okwu mbụ na nke ikpeazụ. Ịgụ nke ahịrị ndị a ga-enye aka ịchịkota isi okwu dị na ya.
- Cheta na ahịrị okwu bidoro ederede ọ bụla na-egosikarị ihe dị mkpa; ihe ịma atụ dị iche iche adịghị mkpa n'ịchịkọta isi okwu odee.
- A ga-eleba anya n'ụzọ dị mfe a ga-eji chịkọta isi okwu nkebi ọ bụla.
- Mgbe ụfọdụ, okwu a na-ejikarị ajụ ajụjụ n'ihe gbasara isi okwu bụ:

1. Nye
2. Chịkọta, na
3. Kpọsịsịa

Mgbe a gbasoro ụzọ ndị a wee chịkọta ederede, nchịkọta ga-adị mma.

**NNWALE ONWE NKE II**

Dee otu ederede n'isi okwu masịrị gị ma chịkọta ya.

### 3.3 Ụfọdụ atụmatụ okwu na-apụtakarị ihe n'edemede ekereuche

E nwere okwu nka e ji ede edemede n'asụsụ Igbo. Okwu ndị a ka a na-akpọ atụmatụ okwu. Ajụjụ bụ, "gịnị bụ atụmatụ okwu?"

Atụmatụ okwu bụ okwu nke echiche ya na-esiteghi n'echiche mkpụrụ okwu mejupụtara ya; echiche ya na-adị omimi; e ji ya achọ ederede mma; ọ na-achọ nkọwa ọtụtụ oge. Ọ na-eme ka okwu tọọ ụtọ na ntị oge a nụrụ ya. Ha nwekwara nghọta zuru oke n'onwe ha.

Atụmatụ okwu ndị a dị ọtụtụ n'asụsụ Igbo, mana ọ bụ ụfọdụ ka a ga-eleba anya ebe a. Ha gụnyere:

1. Ilu
2. Asiniilu
3. Ụkabụilu

4. Akpaalaokwu
5. Soromchịa
6. Igbuduokwu
7. Myiri
8. Mbụrụ
9. Mmemmadụ
10. Egbeokwu

**Ilu**: Nke a bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu. Ọ bụ okwu omimi, nke ndị maara nke ekwe na-akụ ji achọ okwu mma, ma mee ka ọ kaa aka.

**Ọmụma atụ:**

1. A nyụkọ mamịrị ọnụ, ọ gbaa ụfụfụ.
2. Awọ anaghị agba ọsọ ehihe na nkịtị.

**Asịnilu:** Nke a bụ nke e si na ngalaba ilu wepụta. Ọ na-egosi omume azụ. A na-eji ilu ekwugharị ya iji gosi na ọ bụ onye ọzọ kwuru ya.

**Ọmụma atụ:**

1. Ọkụkọ sịrị na ọsọ a chụrụ ya n'ehihie bụ ọnatara chi mana njide e jidere ya n'abalị bụ ụka a kpara akpa.
2. Agwọ sịrị na ihe ya ejighi nwee aka na ụkwụ bụ maka na onye aka ya na-ekoteghiri nsogbu ụkwụ ya ga-ekotere ya ya.

**Ụkabụilu:** Nke a bụ ilu e tinyere n'obere akụkọ. Ọ na-enwe nghọta pụrụ iche n'akụkọ e jiri ya kọọ.

**Ọmụma atụ:**

1. Adaka ziri nwa agadi nwaanyị ya kwanyere ya ọkụ ka ọ nyaa n'ihi na oyi na na-atụ ya. Nwa agadi nwaanyị akwanyere ya ọkụ mgbe adaka nyachara ọkụ; ọ bọọrọ nwa agadi nwaanyị ike.

2. Nkịta gwara enyi ya na-aga ahịa ka ọ zụtara ya oche ka ya bụ nkịta kwụsị ntukwu ala. Mgbe o chegidere enyi ya ma ọ hụghị ya, nkịta zijere ya ozi ka o wetere ya ego ya maka na ntukwu ala amarala ya ahụ.

**Akpaalaokwu:** Nke a bụ okwu amamihe ndị maara ihe na-ewebata ka ha ghara ịkpọ okwu ahụ aha gbowam.

**Ọmụma atụ:**

1. Afọ tara ya mmiri.
2. Edi suru ya ọnụ.

**Soromchịa:** Nke a bụ nke nke akụkọ na-akpa mmadụ ọchị mana echiche ya na-adị omimi. Ya bụ echiche ọ na-ezipụta na-akpa ọchị ma na-akụzi ihe.

**Ọmụma atụ:**

1. Otu nwoke na-ere akpatị ozu sịrị na njọ ahịa ji ya aka nke mere na o nweghi ego o ji eri nri ụbọchị ahụ. Onye ọ na-agwa asị ya ka ọ nwụọ, ka ụmụ nna ya bịa zụta akpatị ozu wee lie ya.
2. Otu nwoke a na-akpọ Amauche ka a gwara ka ọ nwụrụ ọkwa n'aka bịa nzukọ ọha obodo. Ka ụbọchị ọgbakọ ahụ ruru, Amauche wagharịbara n'ime ọhịa ebe ọ na-achọ ọkwa. Tupu ọ na-apụta, ọ bụrụ na e mechaala nzukọ. Mgbe ọ bịara, a jụrụ ya ihe ọ nwụ ọkwa n'aka abịa ime. Ọ zara na aha ya bụ Amauche na ọ maghị uche ndị sịrị ya nwụrụ ọkwa bịa.

**Igbudu-okwu:** Nke a bụ atụmatụ okwu ebe a na-ekwu okwu na-eyite okwu iberibe mana mgbe e chemiri echiche, lee ha anya, ha ezipụta ezi okwu.

**Ọmụma atụ:**

1. Ụra ga-eju onye nwụrụ anwụ afọ.
2. Nzuzu onye bụ amamihe ya.
3. A zọta ndụ a kwụwara ọnwụ.
4. Onye atụfughị, ọ gaghị atụtụta.

**Myiri**: Nke a bụ atụmatụ okwu e ji egosi na ihe dị ka ihe ọzọ ma ọ bụ na ihe a kpọrọ aha na-eme ka ihe ọzọ.

**Ọmụma atụ:**

1. Ọ lụrụ ọgụ ka agụ.
2. Uwe ya na-eji ka unyi.

**Mbụrụ:** Nke a bụ atụmatụ okwu na-egosi na ihe a na-ekwu maka ya bụ ihe ọzọ iji gosi ka akparamagwa na ọdịdị ha sị bụrụ otu.

**Ọmụma atụ:**

1. Obi bụ mbe
2. Ifeọma bụ nkịta.

**Mmemmadụ**: Nke a bụ atụmatụ okwu nke na-ezipụta ihe na-abụghị mmadụ ka a ga-asị na ọ bụ mmadụ.

**Ọmụma atụ:**

1. Mmiri gwọrọ mmadụ ịba ụnya ahụ.
2. Mgbịrịgba kwuru na oge ezuola.

**Egbeokwu:** Nke a bụ atụmatụ okwu na-akpụnyefe nnu n'ihe a na-ekwu.

**Ọmụma atụ**:

1. Ụwa dum na-anụ ka uche na-agwọ ụra n'abalị.
2. Ndị nọ n'ama egwuregwu ahụ karịrị aja dị n'ala.

E nwere ọtụtụ atụmatụ okwu n'asụsụ Igbo, mana ọ bu ebe a ka anyị ga-ekwụsị ugbu a.

**NNWALE ONWE III**

Kọwaa ma nye atụ atụmatụ okwu ndị a:

1. Nkwusara
2. Nhagideokwu
3. Ekwuecheozo
4. Nkwuma
5. Ahaucheụda

**Atụmatụ okwu**

Atụmatụ okwu pụtara ìhè na nkuzi a bụ: ilu, akpalaokwu, myiri, mbụrụ, ụkabụilu, nsiniilu, igbuduokwu, mmemmadụ, egbeokwu, soromchịa, nkwusara, nhagideokwu, ekwuecheọzọ, nkwuma na ahaucheụda. Odee jikwa ụfọdụ n'ime atụmatụ okwu ndị a dee akwụkwọ nkuzi a.

## 4.0 MMECHI

N'isi njedebe nkuzi a, a hụla myiri na ndịmiche pụtara na ntụlekọrịta aghọtaazaa dị iche iche n'edemede ekereuche. A hụkwara usoro a na-agbaso achịkọta ederede na aghọtaazaa. E webatakwara ụfọdụ atụmatụ okwu n'aghọtaazaa na edemede.

## 5.0 NCHỊKỌTA

Igbo tụrụ ilu sị na ntị ga-anụ ihe abụghị ma ọ ha ka okpu ata. Ntụlekọrịta aghọtaazaa na edemede ekereuche mere ka a mata na odee aghọtaazaa nwere ike ide aghọtaazaa na-esiteghị n'ekereuche ya, ebe edemede ekereuche ọ bụla ga-esiteriri n'uche odee pụta. E mekwara ka a mata na a na-agụ aghọtaazaa ugboro ugboro iji ghọtacha ebumnobi odee tupu a malite zaba ajụjụ ya, ebe a naghị aza edemede ekereuche aza.

Ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu; a kọwapụtachara ka atụmatụ okwu si dịdebe mkpa n'ide aghọtaazaa na edemede ekereuche.

**IHE OMUME**

1. Were mbụrụ mee isi okwu edemede; were myiri mechie ya.

2. Site n'iwere atụmatụ okwu ọ bụla sọrọ gị bido mpaghara edemede gị niile, dee out ihu akwụkwọ edemede n'isi okwu masịrị gị.

3. Chịkọta edemede gị a n'ahịrị okwu ise ga-abụrịrị atụmatụ okwu ise ndị a: nkwusara, nhagideokwu, ekwuecheozo, nkwuma, ahaucheụda.

## 6.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI


Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ Igbo.* Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension. (mkpanaka)

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985)*Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers

# YUNIT 4: NNWALE AKANKA N’AGHỌTAAZAA DỊ ICHE ICHE

Ndịna


1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

 3.1 Nnwale aka nka n’aghọtaazaa dị iche iche

 3.2 Nnwale aka nka nwata akwụkwọ

 3.3 Aka nka odee

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụtụaka/Ngụmi


## 1.0 MKPỌLITE

Ebe a mụrụla aghọtaazaa n'agba nke gara aga, agba ihe ọmụmụ a ga-akụzi aka nka; a ga-atụlekọrịta aka nka n'aghọtaazaa dị iche iche. Nke a dị nnukwu mkpa n’ihi na ọ ga-enyere gị aka n’imụta etu e si agụ na etu e si aza ajụjụ n’eso aghọta azaa. Aka nka e ji dee aghọtaazaa dị nukwu mkpa maka onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo.

## 2.0 MBUNUCHE

Ọ bụ ihe a tụrụ anya na nwata akwụkwọ ọ bụla na njedebe nkuzi a ga-amata ihe dị iche iche n’aka nka e ji ede aghọtaazaa ma sizie na ya mụta aka nka o nwere ike iji na-ede edemede ya.

## 3.0 NDỊNA KPỌM KWẸM

### 3.1 Nnwale aka nka N'aghọtaazaa

Tupu a banye na nnwale a, ọ dị mkpa na a ga-ebu ụzọ mee ka ụmụ akwụkwọ mara ihe bụ aka nka.

Gịnị bụ aka nka? Aka nka bụ ọnatara chi ma ọ bụ mmụta, nke odee ji ede edemede ya ka ọ dị iche n'edemede ndị ọzọ. Chetakwa na aka nka n’edemede bụ ndịna niile e jiri dee edemede, ndị gụnyere ọdịdị, nsireme, asụsụ, atụmatụ okwu,

nhazi, ilu, ndokọ isi okwu, wdg (bụ ndị odee jiri nka ya mee ka ha dị iche na nke onye ọzọ).

Ka a kọwacharala aka nka, onye nkuzi ga-edepụta aghọtaazaa ole na ole ka a nwalee aka nka e jiri dee ha.

**Aghọtaazaa 1**

Mkpọkịtị bụ egwu Igbo nke malitere n'Ụmụnze. Egwu a sị n'aha a na-etu onye nkuzi malitere ya. Egwu a ejeela oru jee Igbo; a gụwa egwu Naịjirịa kachaa gazuo ụwa, a gaghị ahapụ ịgụnye odezuru Igbo a bụ mkpọkịtị. Otiti na ọgbụgba ya na-acha ọkụ, na-akpalitekwa mmụọ ndị nkiri, nke mere ka egwu a bụrụ ọtọ n'ụbụrụ na e-lelewe-e-jeghị-ọrụ. Onye hụsịrị ka ndị mkpọkịtị sị atụ onwe ha ka a tụrụ iche, etu ha si efepụ ka nnụnụ, mgbe ha si n'ụlọ elu ha ji onwe ha wu amatu n'ala, onye ahụ ga-ekweta na ha ji ọgwụ ma ọ bụ na ha abụghị mmadụ nkịtị. Ma n'ezie, ndị egwu a ji ihe ebube niile ahụ eme ka ndị mmadụ kweta na ihe a mụrụ amụ karịrị ihe a gwọrọ agwọ.

**Aghọtaazaa 2**

Adaakụ biri mma aka mana otu ihe mebiri ya bụ na ọ na-eme aka abụọ. Otu ụbọchị, n'ụtụtụ ya, ka ndị mmadụ gawasịrị ọrụ, Adaakụ mịbara na be Mz. Okoro chịrị akwa abada nwoke a chatara ọhụrụ maka onye be ya. Mana ụkwụ ọjọọ kpọrọ Adaakụ; Mz. Okoro batara na ntụmadị, hụ agwọ na ihe o loro. Nke a mere ka ọnụma jupụta ya obi; o zuru Adaakụ ike n'ahụ n'agbanyeghị na ọ dị ahụ abụọ. N'ezie, anya Adaakụ hụrụ ntị ya mgbe Mz. Okoro na-akụziri ya ihe. Mkpu niile o tiri ka e meere ya ebere abụghị ihe Mz. Okoro chọrọ ịnụ maka na obi fere n'azụ. Sọ ihe Mz. Okoro gwara ya bụ na ebe ya bụ oke kpachara anya bịa takaa akpa ya bụ dịbịa, na ya ga-akpachara anya bụọ ya bụ oke ọnụ.

**Aghọtaazaa 3**

N'ala Igbo, e nwere ụdị dibịa dị iche iche. Ụfọdụ bụ dibịa Bekee, ndị na-atọgbọ mmadụ, waa ya ahụ, wepụ ọrịa, kwachikwa ya iji gwọọ ya ọrịa. Dibịa mkpa akwụkwọ dịkwa; ha bụ ndị na-eji akwụkwọ na mgbọrọgwụ azọ ndụ. E nwekwara dibịa ọgwụ ndị nwere ike ime anwansi dị iche iche dị ka iji nkata kute mmiri, ime ka mmadụ were aka chiri agwọ na ime ka ọkụkọ ghọrọ ehi. E nwekwara dibịa afa ndị na-anapụta ndị mmụọ okwu n'ọnụ ma kọwapụta ihe ga-eme n'ọdịnihu. Ọ bụ ha ma ihe a ga-eme meta ndị mmụọ mma na etu a ga-esi mee ya. N'ihi nke a, ọ bụ ha na-agụpụta atụmatụ kwuo otu ndị dibịa aja ga-esi chụwapụ ma ọ bụ medoo ala na ndị mmụọ ka ihe na-adịrị ndị dị ndụ mma.

N'obodo a na-akpọ Ndịike, e nwere otu dibịa a na-akpọ Okwucharakaọhụrụ, onye na-ahụ ndị mmụọ, si n'aka ha mata ihe ga-eme n'ọdịnihu na ihe a ga-eme ka ihe dum na-aga were were. Tupu dibịa a amalite izi ozi ndị mmụọ ziri ya, ọ na-esi n'akpa ya nke mkpọkọmkpọ na myọkọmyọ juru n'ime ya kwakọpụtasịa ụmụ ihe a pịrị apị kwụwasịa ha n'ihu ya. Ọ na-ewepụta okpokoro mbe site n'ihu ihe ndị ahụ. Mgbe ahụ, ọ na-eweta nzu baa n'anya, gwazịa onye ahụ chọtara ya ka o kwuo mkpa ya. Ọ ga-agwakwa onye ahụ ego ole ọ ga-edotere agwụ ya. Mgbe onye ahụ doweere ya ego ahụ, o were ya tinye n'okpoko mbe ahụ, bịa si n'ime okpokoro mbe ahụ chịpụta mkpụrụ ugiri a gakọsịrị agakọ ghasa, jirizie asụsụ agwụ ya na-anụ kpọkuo ha, jụọ ha ka ihe si kwụrụ ma na-achịlitekwa mkpụrụ ugiri ndị ahụ na-aghahapụ n'ala site otu ha si dowe isi na anya mata mgbe ha kwuru njọ ma ọ bụ mma. Ka ọ na-eme nke a, ọ ga na-ajụkwa onye bịara ịjụ asẹ ọtụtụ ajụjụ. Nke a ga-eme ka ọ mata ka mmiri siri baa n'opi ụgbọgụrụ iji mata otu ya ga-esi dowe onu, jiri ihe dị n'ubi siere ubi nri, gwa onye ahụ ihe ga-adị ya ka ọ bu ezi okwu nke agwụ ya kwuru na otu agwụ siri chọọ ka e mee ya.

Ndị Igbo na-ekwu na-asị na onye jere na dibịa chọgawara mmụọ okwu. Nke a mere na ọ nweghi ka dibịa ahụ ghara ịgwa onye ahụ bịara ịjụta asẹ ihe ọ ga-eme iji chụkwapụ ihe ọjọọ kwụ eche ya ma ọ bụ nweta nchedo. Dibịa ga-agwakwa ya na ọ hapụ ime ihe ndị a, ndị mmụọ agbọọ ya ntị. E jighi onye mara ihe eme ụtụtụ

ahịa. Ya mere e ji asị na a na-agba afa, a na-atụ aro, afa ereghi, aro ere. Ọ bụ ezie na a naghị anụ isi mmụọ ghewe ọnụ oghe. Ọ bụ aro ka e ji atọgbọrọ nkịta nri n'ihi na o rifọghị, mmadụ eburu. N'ezie, ọ bụghị mmadụ dum na-emezucha ihe a gbatara n'afa. Ya mere e ji ekwu na-asị na aja waa onye ụbịam o kwere chi ya ọnwụ.

**NNWALE ONWE I**

Gụọ aghọtaazaa atọ ndị a dị n'elu, tụlee ma wepụta aka nka ode jiri dee ha.

**Nnwale aka nka ụmụ akwụkwọ**

Dee otu aghọtaazaa n'isi okwu masịrị gị. Cheta were ilu na ọtụtụ atụmatụ okwu chọọ aghọtaazaa gị mma.

**NNWALE ONWE NKE II**

Tụlee aka nka i ji dee aghọtaazaa gị.

## 4.0 MMECHI

Nnwale aka nka bụ ihe dị mkpa n'amụmamụ aghọtaazaa ma bụrụkwa nke e ji eme ka ị mụtakwuo aka nka ndị odee. Ọ bụ ya ka ihe ọmụmụ a ya jiri dị ezigbo mkpa.

## 5.0 NCHỊKỌTA

A hụla na aka nka na-ezipụta ihe dị iche n'usoro onye si ede edemede n'ebe onye odee ọzọ nọ. Ọ bụ nke a ka e jiri depụtasịa ọtụtụ aghọtaazaa n'aka nka dị iche iche ka ị gụọ ma tulee ha ọfụma.

Nnwale a ejedebeghị n'aghọtaazaa ndị odee dere n'aka ha, kama, ọ metụtakwara nnwale aka nka nke gị onwe gị.

## IHE OMUME

- Were aka nka gị dee otu ibe akwụkwọ aghọtaazaa.
- Họrọ aghọtazaa ọbụla masịrị gị ma wepụta aka nka e ji chọọ ya mma

## 6.0 NRỤTỤAKA/NGỤMI

Ngosi, M. C. (2004). *Nchịkọta Ụtọasụsụ Igbo*. Nkpor: Optimal Press.

Ọfọmata E. C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Okezie C. (2019). Akwụkwọ nkuzi (mkpanaka).

Onyekaọnwụ G. O. (2004). Akwụkwọ nkuzi: IGB 111: Composition and Comprehension. (mkpanaka)

Otu Iwelite Asụsụ na Omenala Igbo (1985)*Ọkaasụsụ Igbo*: Enugu: Varsity Industrial Press

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Lagos: Orient Publishers